# Ụkwụ ncheihu n’ẹlu: Nlekọta n’usoro Ponseti

## Àgba nke atọ









**Ndịna**


Okwu ndubata na ndị nnyemaaka . . . . . . . . . . . . . . 2
Ndị mere ntụgharị . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . 3
Ntọala nlekọta gbadoro ụkwụ n’usoro ọlọrọọhụụ . . . 4
Usoro nlekọta Ponseti n’oge ugbu a . . . . . . . . . . . . 6
Ntụle ụkwụ chere ihu n’elu . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . 8
Nkedo akwa n’usoro Ponseti . . . . . . . . . . . . . . . . . . 9
Ndahie ndị kacha pụta ihe n’atụtụ nlekọta . . . . . . . 13
Nkeji akwara . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . 14
Nkedo osisi nkwado . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . 16
Ngawanye n’ikedo osisi nkwado. . . . . . . . . . . . . . . 18
Omenala megidere okwu nlekọta . . . . . . . . . . . . . . 19
Nlaghachi azụ n’ọnọdụ ochie nke ụkwụ nche ihu n’elu . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . 20
Ụkwụ ncheihu n’elu gbara gbarịị . . . . . . . . . . . . . . 22


**Edemsibịa**


Ndịgbarị ihu ọgọdọ n’ebe o gbasara njedebe anụ ahụ. . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . 24
Nkewapụta osisi e ji eme nkwado . . . . . . 26
Ogo ụkwụ ncheihu n’elu . . . . . . . . . . . . . . . 27
Ozi nye ndị new nwa . . . . . . . . . . . . . . . . 28
Nkọwada. . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . . 31
Otu nnyemaka mba ụwa. . . . . . . . . . . . . . 32



**Lynn Staheli**



GLOBAL HELP
Health Education using Low-cost Publications

## Okwu Ndubata

Nke a bụ agba nke atọ nke otu enyemaka mba ụwa dum n'iji kwado Ponseti. N'afọ 2004, anyị bipụtara agba asụsụ Bekee nke mbụ dị n'ụdị PDF (www.global-help.org). E bipụtala ma kesaa ihe ndepụta dị otu a n'etiti obodo karịrị otu narị na iri ise n'ọnụọgụgụ. E sitela n'asụsụ obodo dị iri na abụọ n'ọnụọgụgụ agba PDF. Usoro omume ọhụrụ anyị mepụtara ihe mbipụta dịka mpaghara oboakwụkwọ dị 26, ederede na ihe mmapado dị n'otu diskeeti. Oboakwụkwọ CD a ga-eme ka ọ dị mfe n'inweta, nye, ọ kachasị, obodo ndị na-enweghị weebụ saịtị kachasị hie nne maọbụ na-enweghị yaa maolị nweta ozi ndị a.


Agba nke ọhụrụ a bụ iji mee ka ndịna, ntụgharị na omenala zuo oke ma dịkwa ụbara na nnweta. Anyị tinyekwara usoro bụ ọkacha mma gọsịrị ịdị mfe nke atụtụ Ponseti iji nyere ụmụ e ku n'aka na ụmụ ntakịrị na-etolitewala, bụ ndị nwere ụkwụ nche ihu n'elu aka na nlekọta anya. N'iji mee ka ntụgharị dị mfe, anyị gọsipụtara otu ohere buru ibu maka ihụ akwụkwọ nke ọ bụla. Anyị mepụtara we ebụ dị mfe na ncheta nke adụreesi ya bụ www.orthorbooks.org.

Achọrọ m ikele ndị nkwado maka aro na nnyemaaka ha dị iche iche. Ana m ekele Dkt. Pirani maka na o nyere ikike ka e tinye mpaghara nchọpụta dị n'akwụkwọ anyị gbasara Uganda na mbịpụta a, bụ nke nyere aka n'ime ka agba nke nyere aka n'ime ka agba nke a ri juo atọ ma metụta ọtụtụ omenala. Ekelere M. Dkt. Morcuende maka nledomacha o mere na na nnyemaka ya bụ nke o jiri mee ka ndịmma agba ọhụrụ a hapụ iri mperi dịka ọ gbasara nlekọta n'usoro Ponseti site na Iowa. Ana m ekelekwa Hellen Shinske, bụ onye gbara oke mbọ n'ime nnyocha ederede, na kwa ụlọọrụ McCallum maka mbịpụta agba nke a n'ọnụ ego dị ala.

Ọ bụ ihe afọ ojuju nye anyị n'isoro mee ka nlekọta n'usoro Ponseti bụrụ ọkacha mma n'ụwa niile.

Anyị na-ekele ndị mere ntụgharị ederede a n'asụsụ ndị ọzọ dị iche iche ma nye aka mee ka ngwaọrụ a dịrị n'ọtụtụ obodo.

Anyị na –ekele gị n'oge dum maka atụtụ na aro gị niile.



Lynn Staheli, M.D.
Onye nhibe na
Onyenduzi otu nnyemaaka mba
ụwa 2009.

GLOBAL HELP

Otu nnyemaka mba ụwa na-agbasa ozi n'efu nye mba ndị na-emepe emepe iji mee ka okwu gbasara ahụike jezuo ụwa dum. Hụ **www.global-help.org.** maọbụ **www.orthobooks.org.**

## Ndị nnyemaka

### Ignacio Ponseti, Onyeisi



Dkt, Ponseti mepụtara usoro ya a n'ihe karịrị afọ 50 (iri ise) gara aga. O jirila ya bụ usoro lekọta ọtụtụ ụnụaka karịrị otu narị n'ọnụọgụgụ ka ọ dị ugbu a, nwoke a bụ ọkachamara akaochie na mahadum Iowa. O nyere ntụziaka n'oge niile a na – eme mbipụta akwụkwọ a. Enyemaaka ya gbadoro ụkwụ n'atụtụ sayensi.

### Jose A. Morcuende, MD, Ph.D, bụ onye otu Ponseti.




O nyere ihe nlere anya maka nlekọta ma nye-kwa ndụmọdụ n'oge niile a na-eme njikere maka mbịpụta akwụkwọ a.

### Shafique Pirani, MD



Ya kacha bụrụ onye nkwụdosi ike ma bụrụ onye anya doro nkeọma n'usoro Ponseti ọ bụ ezigbo onye nkwado ma sorokwa n'ịmalite n'oge, jiri usorọ a rụọ ọrụ na Canada. O mepụtara usoro bụ ịgba maka iji atụtụ n'ụzọ Pọnseti a rụọ ọrụ n'obodo ndị na-emepe emepe.

### Vincent Mosca, MD




Dkt Mosca hiwere mpaghara mgbasa ozi nye ndị nne na nna, wee gosipụtakwa ụzọ ihu ọgọdọ si eme nnwogharị.

### Norgrove Penny, MD



Dkt. Penny bụ ọkasi ibe ya gbasara nchọcha e mere na Uganda. Ọ gbada mukwu mbọ n'iji mee ka usoro ahụike bawanye ụba n'etiti mba ndị na-emepe emepe.

### Fred Dietz, MD



Ọ bụ onye otu Dkt. Ponseti. Dietz webatara ihe onyoonyoo na ozi pụrụ iche nye mpaghara na-eme nchịkọta ọrụ a.

### John E. Herzenberg, MD



Ọ bụ otu n'ime ndị na-agwọ ọrịa mbụ buru ụzọ nabata nlekọta ụkwụ nche ihu n'elu site n'usoro Ponseti, ma a hapụ mba Iowa. Dkt. Herzenberg webatara ozi na ihe nkọwa dị oke mkpa nye mpaghara na –ahụ maka ọgbụgba ọkpụkpụ.

### Stuart Weinstein, MD



Ya na Dkt. Ponseti enweela mmekọrịta kemgbe na-anọọla nnukwu ọdọ ma bụrụkwa otu n'ime ndị bidoro n'oge nyewa nkwado maka nlekọta ụkwụ nche ihu n'elu n'usoro Ponseti a. Dkt. Weinstein webatara aro na nkwado.

### Michiel Steenbeek



Mz Steenbeek bụ onye nwere mmụta gbasara ọrịa ọ bụla pụrụ ibutere mmadụ ezughị oke n'elu ahụ. Ọ bụ site n'ọtụtụ ngwaọgwụ dị iche iche ka o si wee nweta usoro nhazi nke ya, bụ nke bara oke uru n'etiti ndị obodo na –emepe emepe.

## Ndị ntụgharị

E sitela n’aka ndị a na-esotewee tụgharịa akwụkwọ a n’asụsụ ndị ọzọ kwa.

### Arabiiki



Dkt Alaa Azmi Ahmad, M.D. bụ ọgba ọkpụkpụ n’ụlọọgwụ Ramala Arab Care nke dị na Nables Speciality Hospital, Ramala, The West Bank, Palestine.
alaaahmad@hotmail.com.



Dkt. Ayman H. Jawadi,
Osote ogo ọkachamara, bụ ọgba ọkpụkpụ na-abịa nleta na King Saud Abdulaziz Medical City dị na Riyad, Saudi Arebia.



Dkt. Said Saghieh,
Bụ osote ogo ọkachamara n’ihe gbasara ọgbugba ọkpụkpụ na maha-dum Amịrịka dị na Beirut, Beirut, Lebanon.

### Onye Chaina



Dkt. Jack Cheng, Onye Hong Kong dị na Chaịna ka a pụrụ inweta na jackcheng@cuhk.edu.hk Christian and Brian Trower Guilin, Chaina trower@myealbox.com.

### Onye Frenchi



Dkt. Franck Launay Marsille, France
francklaunay@mad.ap-hm.fr

### Onye Itili



Dkt Gaetano Pagnotta
Rome, Italy
pagnota@opbg.net


### Onye Japan





Natsuọ Yasni, Tokushima, Japan
nyasui@clin.med.tokushima-u.ac.jp
Hirohiko Yasui, Osaka, Japan.,
Hirohiko_yasui@yahoo.co.jp.
Yukihiko Yasui, Osaka, Japan
hikobosy@yahoo.co.jp

### Onye Polandi



Dkt. Marek Napiontek
Poznan, Polandị
ortop@webmedia.pl.

### Onye Pọtụgaal



Dkt. Monica Paschoal Nogueira
Sao Paolo, Braziili
monipb@uol.com.br

### Onye Rọshia na onye Ukrenin



Jolanta Kavalia Uskiene
Kaunas, Lithuania
jokved@hotmail.com

### Onye Speen



Dkt. Jose Morcuende na Helena Ponseti, Iowa city, Iowa, USA.
jose-morcuende@uiowa.edu

### Onye Tọkị



Dkt. Selim Yalcin
Istanbul, Tọkị
selimyakin@ultrav.net

### Onye Vietnam



Dkt. Thanh Van Danang, Vietnam
otohcmvn@hcm.fpt.vn.

# Nlekọta gbadoro ụkwụ na sayensi

Dika ọ gbasara ụkwụ ncheihu n’elu, ọgwụgwọ anyị gbadoro ụkwụ na sayensi n’ebe ọ gbasara nrụrụ mbupụta ụwa na n’usoro metụtara otu obo ụkwụ si aru ọrụ.



## Nsineke

Ụkwụ chere ihu n’elu abụgbị ihe sitere n’eke maọbụ e si n’afọ buru wee pụta n’ụwa. ụkwụ nwere ike na –eto nkeọma ọ hịgharịwa na – eche ihu n’elu. Ọ na esi ike iji ihe onyoonyoo wee chọpụta ụkwụ ga agba ihu n’elu tutu izu nke iri na isii. Maka ya, dịka ufọdụ ihe nramaahụ ndị ọzọ metụtara. Mbupụta ụwa, ụkwụ iche ihu n’ele bụ nsogbu metụtara ntolite.

Nwa nwoke dị izu, iri na assa n’afọ wee nwee ụkwụ chere ihu n’elu ka e gosịpụtara na [1]. Mpaghara dị n’ihu aka nrị n’ụkwụ chere ihu n’elu [2]. Na – ezipụta ụdọ siri ike, ya na ọgọdọ siri ezigbo ike ma bụrụ ụdọ nke ya na ụdọ ikiri ụkwụ ga – ezuite ụdọ nke a kpọrọ njikọrọ ogologo ọkpụkpụ ikperè n’ọkpụkpụ ikiri ụkwụ dị akpụ ụkwụ nso bụ nke dị n’ụdị kwesịrị ka ọ dịrị.




Ntakịrị foto (ihe nlere) gosịrị ọgọdọ [3] na-egosịpụta ebe e nwere nsụkọta anụ ahụ nke mpaghara ụkwụ. Ụmụ abụba na – adịkọta n’ujunke na ọtụtụ ha nwere ihe akpọrọ nuklei dị chịm (ehimnne eke ya dị, x 475).


Ọdịdị nke ebe na –agbasa agbasa gbado ụkwụ n’ọnọdụ otu n’ime ọkpụkpụ ọgọdọ na-enwe nhịcha. Ihu ụkwụ na-anọzighị anọzi na-eme ka obo ụkwụ na –enwe mgbanwe gawa n’ihu, nke ihe na-esote ya bụ ụkwụ ahụ iche ihu n’elu.

N’ụkwụ chere ihu n’elu, ọ dịka e nwere mpụpụ karịrị akarị n’ihu ọgọdọ bụ nke gastrosolịọọsi metụtara. Anụahụ ndị a sụkọrọ asụkọ dịgasi obere, dị mkpụ mkpụ karịa out abo ụkwụ kwesịrị ịdị. Na ngwụsị gastrosolịọọsi, e nwere nhịọkapụ akwara nke chọrọ ịdafenye n’azụ ọgọdọ na n’ime ụkwụ.




N’obo chere ihu n’elu, ihu n’elu ụdọ dị n’ihu na nke ime ọgọdọ na akwara ihu ụkwụ na – esikarị ike. Ọnọdụ dị otua na-egbochi ụkwụ a ịdịrị n’ụdị kwesịrị ya Ọ na-emekwa ka. Ọna – emekwa ka ogo ụkwụ na ogo mmebi maọbụ nrụrụ ụkwụ bịakọta ọnụ. N’ebe ụkwụ ncheihu n’elu kacha njọ dị a na-ahụ gastroliọọsi a dịka obere anụ ahụ dị n’elu, n’azụ okporo ọgọdọ. Ọkpụtọrọkpụ nsụchi anụ ahụ na-eme ka ụdọ, akwara na anụ ahụ nwee ike nọrọ ruo oge nwata ahụ gbara afọ 3 maọbụ 4, ma butekwuo ọnọdụ nlagbachiazụ n’ihe mgbu. A bịa na nnyonnyo ahụ (ihe e ji enyocha ahụ mmadụ) a nsụkọta anụ ahụ na egosịpụta ihe a ihe a na - akpọ ịkpụ  ụkpụ (etoghị eto). Nke a na -egbochi ụdọ obo ụkwụ ịgbatị agbatị. Ọ dịghị njọ, ka o sita dị, ka e jiri nwayọ nwayọ na-agbatị ụkwụ nwata dị out a, ọnọdụ a kwa na-apụtaghachị ihe ka mkpụrụ ụbọchị olenaole gasịrị iji mee ka a gbatịkwuo ya bụ ụkwụ. Ọ bụ nke a kpatara na mgbatị nkịtị dịkwa mkpa.

## Kinematiiksị




Nrụrụ ụkwụ na-apụtakarị ihe n’akpụ ụkwụ ga, nke mmewere ya bụ nsụkọta anụ ahụ na-adịkarị ire site na mgbehu ụkwụ a, mpụpụ na nnwogharị, oge ómúmú. Akpụ ụkwụ a dabeere na mgbehụ obo ụkwụ, ekwo ya na-adị n’etiti ma na – eme ka obo ụkwụ hapụ ịdị n’ọdịdị kwesiri ya, ebe isi ya na –adịzikwaghị adịzị otu  o kwesịrị. Ikiri ụkwụ ga –abịazi nọdụ n’okpuru akpụ ụkwụ.

Dịka e gosịpụtara na nwata gbara mkpụrụ ụbọchi atọ (4 ihu akwụkwọ aka nri), ọkpụkpụ dị n’etiti agbasaala, hapụzie ịdịrị n’okpuru akpụ ụkwụ, kama, na-atụgharị sọọsọ n’elu akpụ ụkwụ. A ga-ahụ ihe ndị a na-akpọ ọkpụkpụ ihu obo ụkwụ  n’ikiri ụkwụ  (nke dị n’aka nri), ihe dị mbadamba dị n’okpuru ya, ebe okporo ụkwụ jikọtara ndị ọzọ ga-adịzị n’azụ. A na-ahụzikwa ihu ime ikịrị ụkwụ ihe dị ka abụọ na atọ bụ mpaghara a n’akpụ ụkwụ. N’akwara akaị ụkwụ  gbara azụ n’okpuru ụkwụ ka a na-achọpụtakwa na akwara ndọtị ya na-abụ ihe dọchapụrụ adọchapụ.

E nweghị ahịrị (laịnị) dịzị bụ nke akpụ ụkwụ pụrụ iji mee ntụgharị mani ụkwụ nkịtị ma n' ụkwụ  chere ihu n'elu. Ụdọ njikọ maka mkpịsị  ụkwụ ọ bụla dịịrị onwe ya. Mmegharị nke ọ bụla dịịrị onwe ya ịche n'etiti ọkpụkpụ ndịa. Njekọta ha na-ewere ọnọdụ site na njikọta ọnụ nke ụdọ ime ụkwụ.

Mbịakọta ọkpụkpụ ọ bụla nwere njegha nke aka ya n'usoro pụrụ iche maka ya, ndozi nke ụsọ ime, n'ebe ọ gbasara njasa na ntụghari ọkpụkpụ dị n'ime, n' ụkwụ chere ihu n'elu na-ejiri nwayọ na-alụpụta ndahie nke elu akpụ ụkwụ ụkwụ ọkpụkpụ ege ụkwụ ime, ikiri ụkwụ , tutu e mee ka ha laghachi n'ọnọdụ ha ochie. Ndahie ndị a na-apụtakarị ihe n'ihi na akwara ndị a dị iche iche ka e nwere ike ịdọtị. Ọ bụ ihe dị mkpa ịmata otu  ọkpụkpụ ndị a mebirila si arụ ọrụ. Ka o sila dị, ọ bụ ihe nwute na ọtụtụ ndị na-agba ọkpụkpụ amaghị nke a. Ọ dịghị mma otu a.

Ịchọ ka e dozie ụkwụ  ncheihu n'elu site n'eluiche dị otu a na –eme ka ndọtị ụkwụ  bụrụ ihe na- apụghị inwe omume, ihe ọ na-alụpụta bụ ibijọsị aka n'akụkụ ụkwụ a, nke na ọ gaghịzị ekwe ndọtị.

N' ụkwụ nche ihu n'elu [1] ihu ọkpụkpụ ikiri ụkwụ dị n'okpuru ọgọdọ ụkwụ. Ọnọdụ a na-ebutere ikiri ụkwụ nsogbu. Mbọ ọ bụla a gbara n'iji mee ka ọkpụkpụ ikiri ụkwụ a nọzie n'ike, na-ebughị ụzọ gbatịa ya [2] ga – a bịagide ime ikiri ụkwụ, n'akpụ ụkwụ, na –agakwaghị edozi ikiri ụkwụ a. Ndọtị ime ikiri ụkwụ ka ọ dịrị out kwesịrị ya na akpụ ụkwụ inwe ezi mmekọrịta [3] ga-agbazi nrụrụ ikiri ụkwụ dịka ọ gbasara ụkwụ chere ihu n'elu.


Ka e si dozie ụkwụ chere ihu n'elu bụ site n'ime ka obo ụkwụ  chee ihu n'elu, a na-adọtị ya na ọgọdọ iji gbochie ọgọdọ ịna-atụgharị n'ime ikiri ụkwụ. Nkedo e mere nkeọma na –enye aka n'ime ka ụkwụ  na-anọzi. Ọdịghị mma ịdọfe ụdọ ofe gafee ebe o kwesịrị irute n'onwe ya. Ka mkpụrụ ụbọchi ise gasịrị e nwere ike ịdọtịkwụ ụdọ a iji mee ka mgbatị ya kwekwuo omume.

Ọkpụkpụ ndị a na nsụkọrọ ha dị iche iche, tinyere ihe e jiri kedo ebe ahụ (plasta) na-agbanwe maka nsụkọta anụ ahụ nke katileeji na ọkpụkpụ nke na-ewebata mgbanwe na nhuku, na mpaghara ọ dị. Nke a ka Pirani [5] gosịrị nkeọma, bụrụ nke o jiri mee ntụnyere oge ọgbụgba ọkpụkpụ na oke ụda na-apụta ihe oge e mesịrị ọgbụgba ọkpụkpụ. Mata mgbanwe ndị na-adị n'agalaba elu akpụ ụkwụ  abụọ  a na mbadamba ikiri ọkpụkpụ ikiri ikiri ụkwụ . Tutu ọgbụgba site n'ọnọdụ a, elu akpụ ụkwụ  na-adahie, gaa nọdụ n'etiti isi akpụ ụkwụ  (dị buluu). Hụ ótú mmekọrita a si apụta ihe n'oge mghati ọkpụkpụ. N'otu aka ahụ, mbadamba ụkwụ maọbụ obo ụkwụ a [kendụ ndụ] ka ya na ọkpụkpụ ilari ụkwụ na – arapadozi (edo edo) n'otu  oge mgbatị a.

Tutu e mee nkedo nke ikpeazụ, okporo ụkwụ, n'azụ ọgọdọ, ka a pụrụ ọgọdọ a, bu ndị mmewere ya bụ nsukorọ akwara na-apuchị ịdọtị ma metụta akụkụ ahụ ahụ na-ehighị nne. A na-ahapụ nkedo nke ikpeazụ a ruo ihe dịka izu 3, ebe ọtụtụ mpaghara ọkpụkpụ ikiri ụkwụ na-adịchaghị n'ọnọdụ ya ma e jiri, ọ bụladịị nwayọ nwayọ, na –agbatị ya. N'oge a, nsụkọrịta agalaba anọziela n'ọnọdụ kwesịrị ha.

Na nchịkọta, ka e mesịrị mgbanwe ihe nkedo ugboro ise, ọtụtụ ụkwụ  chere ihu n'eluka a pụrụ ịdozi. Njedebe usoro a bụ inweta ụkwụ gbasiri ike ma nwerekwa onwe ya. Ọrụ nchekwa ka e jirila ihe ruru afọ 35 mee, site n'ọmụmụ njeghachi njem nleta, n'ụzọ ọ na –egbughị mgbu.


I. Ponseti, 2008








5



# Nlekọta n’usoro Pọnseti n’oge ugbu a


## A nabatala nlekọta n’usoro Pọnseti n’ụwa dum?

N’ọtụtụ afọ garala aga ugbu a, a nabatala nlekọta n’usoro Ponseti n’ụwa niile [i] dịka ụzọ kacha mma ma kachaakwa dịrị ọnụ ala n’ụwa niile.




## Kedụ otu e si eme mgbatị n’usoro Ponseti?

Buru n’uche, ụdị ụkwụ ncheihu n’elu kacha pụta ihe, jiri usoro nlekọta ọkpụkpụ [2 n’aka ekpe] tụnyere ụkwụ chere ihu n’elu (n’aka nri). Mata na akpụ ụkwụ (keuhie) rụrụ arụ, n’ebe elu akpụ (keedo) dakapụrụ adakapụ n’etiti. A na-ahịọgharị obo ụkwụ n’akụkụ ọkpụkpụ ụkwụ (aro buluu). A pụrụ inweta ndozi ụkwụ n’usoro Ponseti site n’ịkwụsị ntụgharị nwayọ, nwayọ, agbatị ọkpụkpụ obo ụkwụ site n’ịtugharị ya gburu gburu ọgọdọ ụkwụ (Okirikiri uhie) ka izu olenaole gasịrị.




## Olee oge ndọti site n’usoro Ponseti kwesịrị ịmalite?


O kwe omume, bido ka a mụchara nwa (site na mkpụrụ ụbọchị 7 ruo 10). Ka o sila dị, imeriime ụkwụ chere ihu n’elu ka e nwere ike ijiri usoro a mee n’oge niile nwa ahụ ka dịkasịrị nta.

## Ọ bụrụ na usoro ọgwụgwọ ebido n’oge, mgbanwe nkedo ole na-adikarị mkpa?

A pụrụ ime nke a oge nwa ahu nọrọ izu 6, kwa izu, ebe ihe ga-esotezi bụ itinye ihe nkedo. Ọ bụrụ na e dozigbị ụkwụ ahụ ka a gbanwechara ihe nkedo a ugboro isii maọbụ ugboro asaa, ọ ga – abụrịrị n’ihi na a gbasoghị ezigbo usoro.

## Olee mgbe ọ ghọrọ ihe e gburu oge n’ịmalite ọrụ mgbatị mana ma ya ka dịkwa mma?

Ebumnobi bụ imalite usoro ọgwụgwọ a n’izu ndị nke mbụ, ka a mụsịrị nwa ahụ. Ka o sila dị mgbatị pụrụ inwe isi n’ọtụtụ ebe, ru oge nwa ahụ na etofetụwala ogo ịbụ nwata.




## Mgbatị n’usoro Ponseti ọ ka nwere isi ma ọ bụrụ na e gbuo oge n’ọgwụgwọ ya?

Mgbatị e gburu oge, ruo mgbe nwa ahụ topụtawarala ka e nwere ike iji ihe nkedo malite n’usoro Ponseti. N’oge ụfọdụ, mgbatị e mere site n’ịwa ụkwụ pụrụ ịbata mana, mgbe ogo usoro a pụrụ ipe mpe karịa, ka ọ gaara adị ma ọ bụrụ na a gbasoghị usoro Ponseti.

## Olee ihe a tụrụ anya na nwata nwere ụkwụ  ncheihu n'elu nke Ponseti gwọrọ?

N'ebe ndị niile nwere otu ụkwụ ncheihu n'elu nọ, ụkwụ nke ahụ metụrụ na – adịrịtụ ntakịrị karịa nke ọzọ (n'ụdị, 1.3cm) ma dịrịkwa mkpafa karịa (n'ụdị 0.4cm). N'ịdị ogologo n'aka nke ọzọ; ụkwụ ndị a na abụ otu mana ahịrị dị n'ụkwụ  nke ahụ bu nsogbu a na – adị ntakịrị (n'ụdị 2.3cm). Ụkwụ  a kwesịrị isi ike, nwere onwe ya, na-egbugbị mgbu. A tụrụ anya ụdị mgbazi a, n'oge niile onye a nọ ndụ. Nke a na-ewete ohere maka ihe ịgazi agazi n'oge ịbụ nwata [1] na-egbughịkwa mgbu ma na-ekwe ka ngam ije n'oge mmadụ ịbụ okenye kwe omume.

## Olee ọnọdụ ncheihu n'elu ga – apụta n'ebe nne na nna nwata a n'onwe ha nwekwara otu nsogbu a?

Mgbe otu n'ime ndị new nwa a nọ n'ọnọdụ ụkwụ nchem ihu n'elu a, e nwere ohere dị ogo 3% na nwa ha ga-enwekwa ya bụ ọrịa. ka o sila dị, oge ha abụọ (nne na nna) nwechara nsogbu a, e nwere ohere dị ogo 30% na nwa ha ga-enwete ụkwụ ncheihu n'elu.

## Olee otu  a ga esi jiri usoro nlekọta Ponseti? Tụn yere nlụpụta ọ wụwa ụkwụ?

Kedụ otu a ga-esi jiri nlekọta n'usoro Pọnseti tụnyere nlụpụta ọwụwa ụkwụ mmadụ? Ọwụwa ụkwụ  na-enye aka mgbe mbụ nsogbua malitere mana, ọ naghị egbochi ya ịlọghachi azụ. Ndị ọkachamara n'ịwa ụkwụ ndị okenye na akpụ ụkwụ kọwara na ụkwụ  e sitere n'ọwụwa gwọọ anaghị esikwa ike, naghị akwụmịcha ọtọ, ma nọrọkwa na ya, na-afụ ụfụ, oge onye dị otu ahụ mere okenye.

## Olee oge na oge usoro Pọnseti na-adịghị adaba adaba nke na,  ịwa ụkwụ ahụ ga-adịzị mkpa?

Ogo ịba uru nke ndọtị zuru oke gbadoro ụkwụ n'ogo ịdị ike nke ụkwụ, n'ogo amaniihie ọwaa (onye na-awa ụkwụ ) na ntụkwasị obi nke ezinaụlọ ahụ. (y.b., site n'ikwu eziokwu ha) N'ọtụtụ oge, a tụrụ anya inweta ndọtị, zuru oke ruo ogo 95%. Mfu (ịkụ afọ n'ala) pụrụ ịdị ma ọ bụrụ na ụkwụ ahụ sikarịrị ike n'obo ụkwụ  na n'elu akpụ ụkwụ.

## Nlekọta n'usoro Pọnseti ọ bara uru nye ụmụaka nwere ụkwụ ncheihu n'elu ma nweekwa nsogbu ndị ọzọ?

Nlekọta n'usoro Pọnseti zuru oke nye nlekọta ụmụaka nwekwara ọrịa maọbụ nsogbu ọkpụkpụ ahụ ndị ọzọ dị iche iche Ọgwụgwọ na – esikarị ike, n'ihi na ndọtị na-egbu oge hiri nme, nke pụtara na nlekọta pụrụ iche kwesịịrị inye ụmụaka nwere nsogbu mmegharị ahụ dịka na mailodisplesịa iji gbochie ọrịa elu ahụ.

## Nlekọta n'usoro Pọnseti ọ dị mkpa nye ụkwụ ncheihu n'elu nke e jirila usoro ndị ọzọ mee na mbụ?

Nlekọta obo ụkwụ site n'usoro Pọnseti dịkwa mma nye ụkwụ ndị mmadụ ndị ọzọ merela, na-agbasoghị usoro Ponseti.

## Olee gasị usoro ndị ahụ dị ezigbo mma maka  nlekọta ụkwụ chere ihu n'elu?

E nwere ike idozi imeriime ụkwụ ncheihu n'elu site n'obere mgbati, tinyekwuo ihe nkedo, ma malitezie nkedo kwụ chịm.  Ka e mechara nkedo a ihe dịka ugboro ise, a na-edozicha, ụkwụ mgbehu, ndọtị ụkwụ  na ngosị ndahie. N"iji mee ka mgbatị bụ ịgba were ọnọdu, a ga- agbatịkwu mkpịsị ụkwụ, jirizie akwa nkedo, kedo ya bụ ụkwụ, dote ya otu ahụ ruo ihe dị ka izu 3. A na- eme ụdị ọgbụgba ọkpụkpụ a kwa abalị bụ nke a na – eji ihe nkwado (dịka osisi) eme, bụrụkwa nke na-aga n'ihu ru oge nwa ahụ gbarala site n'afọ abụọ ruo anọ. Nchọpụta gosịrị na ụkwụ e jiri otu  a gbaa na-agbasi ike, na-adị gam, na – anakwaghị egbu mgbu, ma onye ahụ ebiekwa ndụ zuru oke.

1



2



# Ntụle ụkwụ ncheihu n’elu




## Nkọwapụta ọrịa

**Ime nnyocha na-enyere** ndị ọrụ ahụike, niile aka [1] iji chọpụta n’ime ụmụaka dum a mụrụ ọhụrụ, nke nwere ntụpọ n’ụdị ọ bụla (2) na nsogbu ndị ọzọ (3). Ụmụaka ndi nwere nsogbu ka e nwere ike ịkpọga ụlọọgwụ na – ahụ maka ọrịa ụkwụ ncheihu n’elu.

**Ńkwàdó nkọwapụta** n’oge emem nnyocha na-abụ onye nwere ńkà n’ihe banyere nsogbu ọkpụkpụta nsogbu banyere ọkpụkpụ na-eme ya, bụrụkwa onye ga-egosị na nkọwapụta a bụ nnọọ eziokwu. Mmewere ụkwụ ncheihu n’elu ka pụta ihe bụ mgbehu, ngosịpụta ndahie, ndịtị ụkwụ na mbọ nrụde n’ala [4].

N’oge nnyocha a, ọnọdụ ndị ọzọ dịka ọkpụkpụ nkedo mbọ ụkwụ kendọtị na ama ngosịpụta ndị ọzọ pụtara ihe ka a pụrụ ileghara anya. N’ịgakwa n’ihu, a na-eme nkerisi ụkwụ ncheihu n’elu na nkenụụdị nkenụụdị. A na-eme nkenụụdị a iji mata ụdị ọrịa ọ bụla nwere ike ịpụta ihe n’ọdịniihu ma tụọ ụkpụrụ maka ọgwụgwọ ya.




## Ime nkenụụdị ụkwụ ncheihu n’elu

Imenkeụụdị ụkwụ ncheihu n’elu nwere ike igbanwe, site n’oge ruo n’oge.

### Ụdị ụkwụ ncheihu n’elu kacha pụta ihe.

Nke a bụ ụdị ụkwụ ncheihu n’elu a na-ahụkarị kwụ chịm. Ndọtị, ya bụ ugboro ise, ọ dịrị ezigbo mma, site na nlekọta n’usoro Ponseti.

***Ụkwụ ncheihu n’elu,*** na-adị n’ofu ebe: mgbacha ụkwụ nke a anaghị adịcha njọ. A na -eche na ọ bụ maka nsụkọ anụ ahụ ka e ji enwe ya. E nwere ike iji sọọsọ otu oge ọgbụgba maọbụ abụọ dozie ya.

***Ụkwụ ncheihu n’elu*** e jiri ihe gatere ọnwa 6 gbuo oge ya.

***Nlọghachị ụkwụ ncheihu*** n’elu kacha pụta ihe, ma ọ bụ nke e mere site na nlekọta Ponseti maọbụ site n’usoro ọzọ. Ịlaghachi n’ọnọdụ ahụ ọzọ anaghị adịcha site n’oge ru n’oge ma ọ bụrụ e jiri usoro Ponseti gwọọ ya. Ihe mekwaranụ o ji wee dị otu a bụ nkwụsị a na-akwụsị nsọkwụnye ihe ọgbụgba ọkpụkpụ n’oge. Ndịghachi a na-esitekarị n’ọkpụkpụ ụkwụ na na ngbanwe pụtara ihe mana ọ pụrụ ịnọzi ka oge na – aga.




***Nhọrọ usoro ọgwụgwọ ụdị ụkwụ ncheihu*** n’elu ka pụta ihe ọzọ gụnyere ụkwụ ndị e si n’usoro ọgbụgba maọbụ usoro ọzọ na abụghị usoro Ponseti.

### Ụdl ụkwụ ncheihu n’elu gbara gharịị

ỤdI ụkwụ ncheihu n’elu a na nsogbu ndị ọzọ na – agakọta ọnụ. Jiri usoro Ponseti malite. Ọgbụgba nke a na – enye nsogbu karịsịa.

***Ụkwụ ncheihu n’elu sikakwuru ike:*** Ụdị a nwere ike ịdị ntakịrị maẹbụ buo ibu. Ndị buru ibu na – aka sie ike n’ọgbụgha. Ha na – adị mkpirisi, ma na-enwe ahịrị (laịnị) n’oboụkwụ, na mpaghara akuku akpụ ụkwụ ma nwee mpe mpe na ọkpụkpụ mbọ niile nke mbụ, tinyere mgbatị, hiri nne n’ebe o metụtara mbiakọta ọkpụkpụ metatasaalị falangi (ihu 22) Ụdị nrụrụ a na-apụta ihe na nwata kwesịrị ka a kpọọ ya ozuru oke.




***Ọrịa ndịugbu a gbasara ụkwụ ncheihu*** n’elu na nrụrụ ndị ọzọ metụtara oge onye ahụ ka nọ n’afọ (ihu 23) Ụkwụ ncheihu n’elu so n’ọrịa ọlọrọọhụrụ (ndị ugbua) ọgwụgwọ n’ụzọ Ponseti ka bụkwa ụzọ nlekọta kacha mma mana, o nwere ike sie ike nke na ihe nlụpụta ya ga esi ike n’ikwu ihe ọ ga – alụpụta n’ikpeazụ gbadoro ụkwụ n’ihe butere ya kama n’ụkwụ ncheihu n’elu ahu.

***Nke a bụ ọnọdụ gbasara ụkwụ ncheihu*** n’elu, nke mere ka ezigbo uto hapụ iwere ọnọdụ. Ọmụmaatụ ya bụ nsụkọ nke sinkondrosiisi.

***Ụkwụ ncheihu*** n’elu metụtara nrụrụ dị n’akwara dị n’ime ahụ dịka meningonielosele..

***Ụkwụ ncheihu*** n’elu kembuterenụụwa. Nke a gụnyere strita displasia.

# Nkedo n'usoro Ponseti

## Mbido

Mbido maka iji akwa (plasta) mee nkedo gụnyere iji karama/aba mee ka nwa ahụ kwụsị ibe akwa maọbụ, e nye ya ara. Oge ọ bụla o kwere omume, chọọ onye nwere ọzụzụ n'ụzọ a maka nnyemaaka. Mgbe ụfọdụ, ọ dị mkpa ka ndị nne na nna nye aka. Mbido ọgwụgwọ a dị mkpa [2]. Ihe nnyemaaka a, [kpọm buluu] na – ejide ụkwụ ahụ, ebe ọgwọọ [kpọm uhie] na-eme ya bụ mgbatị.

## Njide na nkedo.

Jisie ike bido n'oge ọmụmụ nwa ahụ, Hụ na nwa ahụ na ndị new ya nwere obi ruru ala. Kwee ka ya bụ nwa na-eri nri n'oge a ya bụ mgbatị na – aga n'ibu.

## Gbaa mbọ chọpụta n'ebe ọkpụkpụ ahụ dị.


Usoro a dị mkpa [3]. Na mbụ, nyochaa mpaghara ahụ a bụ akpụ ụkwụ abụọ a [nke buluu]. Ihe ị ga-eji mee nke a bụ mkpịsị aka ahụ kacha pee mpe ya na isi aka "A", ka aka nke "B" na – ejide mbọ ụkwụ na ọkpụkpụ ha si na ha tịpụta. Ihe na-esote [4], wefee mkpịsị aka ndị a ọsọọsọ rute n'akpụ ụkwụ (nkewapụta keuchie], n'elu akpụ ụkwụ (keuchie) dị n'ihu akpụ ụkwụ.

Maka na elu akpụ ụkwụ dị n'etiti (ma bụrụ nke merela mgbacha) ya na ọkpụkpụ kacha pụta ihe fọrọ obere ka ha na-emekụta onwe ha, ị nwere ike imetụ isi akpụ ụkwụ (uchie), bụ nke uru ahụ na-ekpuchighị nkeọma. A ga-emetụ ihu mpaghara ọkpụkpụ ikiri ụkwụ a na-aga obere obere n'akụkụ okpuru isi aka n'ime akpụ ụkwụ.

## Nnwoghari̇


Iji ike mee ka obo ụkwụ dịrị n'okpuru akpụ ụkwụ so n'ihe bụ nnwoghari. Chọpụta isi akpụ ụkwụ a. E wepụ ọkpụkpụ akpụ ụkwụ, nrụrụ metụtara mpaghara ụkwụ ncheihu n'elu niile ka a na –edozi n'otu mgbe. N'iji mee ka ndọzị a nwee isis, ị ga – gachọpụtarịrị isi ime akpụ ụkwụ a, nke bụ isi ije n'ọgbụgba ọkpụkpụ a.












## Mee ka mgbehu  ụkwụ pee mpe.

Usoro mbụ na nlekọta maọbụ na ndozi bụ idozi nrụrụ nke mgbehu ụkwụ site n'ime ka ihu ụkwụ na azụ ya dịrị n'ezi usoro mgbehu ụkwụ bụ nke kacha pụta ihe n'ime [ 1 edo edo] bụ maka ọnọdụ ihu ụkwụ dị na mgbe niile n'umụ a mụrụ ọhụrụ. ihe kwesịrịnụ bụ ime ka ụkwụ ime ahụ latụ elu, iji rute n'ogo ụkwụ a tụrụ anya (2 ru 3). Ụkwụ ihu a ga-eche ihu n'elu nke na, nnyocha obo ụkwụ a na-egosipụta elu na-adịchaghi elu, dịchakwagbị ala. Ndọtị ụkwụ ihu na nke azụ iji nweta ihu ụkwụ dị n'ụdị kwesịrị ya dị mkpa maka mgbatị iji dozie ya.




## Usoro e ji eme ndọtị

Dkt. Ponseti tụrụ aro na e kwesịrị iji akwa (plasta) mee nke a n'ihina ọ naghị eri nnukwu ego, tinyekwara na ọ dị mfe otu  a karịa iji lifirifi abụba.

**Tutu ndọti n'uju:** Tutu a malite igba ọkpụkpụ, a ga – ebu ụzọ jide ụkwụ a otu  dị mma. A naghị emetu ikiri ụkwụ aka ka e new ike mee ka ọkpụkpụ ikiri ụkwụ nọdụ n'etiti (4).




**Nkenye akwa.** Tinye sọọsọ mpe mpe akwa [5] iji mee ka ọgbụgba ụkwụ ahụ malite. Mee ka ụkwụ ahụ dịrị n'ọnọdụ kwesịrị ekwesị site n'jide mkpịsị ụkwụ bịagide ya na ime.




**Ime nkedo a.** Buru ụzọ kedo akwa plasta a n'okpuru ikpere, mee ka plastaa  rute n'apata ụkwụ. Jiri ugboro atọ maọbụ anọ gaa gburu gburu mbọ [6] jirizie nwayọ were ya garuo n'ikpere [7]. Tinye akwa plasta a ka ọ dịrị lorịị. Pịsịtụ plasta ndị aka ike n'elu ikiri ụkwụ. Jidesie ụkwụ a aka ike site na mbọ ụkwụ ma kedo akwa a n'ụzọ mkpịsị ụkwụ ndị a ga-enwe oghere.






**Nkedowanya akwa a.** E jịla ikike biagide akwa (plasta) a aka ka ị na-eme ndọtị. Jiri nwayọ bịa ya.

E jila ikike oge niile ka isi mkpịsị aka ka dị n'akpụ ụkwụ. Kama, bịakwasị aka ma wepụkwu ya ozigbo. Mee nke a ugboro ugboro ka iwe hapụ ịrụpe ahụ. Ka i jidere ụkwụ a n'usoro dabara adaba maka ọgbụgba ya, kedo akwa a n'isi akpụ ụkwụ. Mata na isi mkpịsị aka ekpe n'oge a na –ekedo ime elu akpụ ụkwụ, ebe akanri na –ekedo ihu ụkwụ, chere n'elu. A na-ekedo ọkpụkpụ. A na – ekedo ọkpụkpụ ege ụkwụ keazụ a iji mee ka obo ụkwụ dị obosara maọbụ nrụrụ okpuru ụkwụ. A na-ekedo ikiri ụkwụ nkeọma site n'ikedo akwa a n'elu azụ ụkwụ tuberositi nke ime ikiri ụkwụ keakpụ ụkwụ abụọ ka a na-ekedokwa nkeọma. A na-emetụ ime ikiri ụkwụ aka oge a na-ekedo akwa. Nkedo a kwesịrị ịgbaso ezigbo usoro. Kwa ngbe, kwa mgbe, tụfee mkpịsịaka gị iji gbochie mbịambịa siri ike b'out ebe ọ bụla. Gaa n'ihu n'ike ya ru oge akwa a siri ike.

**Mee ka nkedo rute apata** Jiri mpe mpe akwa hiri nne n'iji mee nkedo a ma mee ka o rute n'etiti ma, gbochie mmerụ ahụ [2]. E nwere ike iji akwa a gaa azụ gaakwa ihu n'okwu ikpere nke na-eme ma nwepụ akwa a nyee nsogbu.

**Mee ka akwa a dịrị larịi.** Mee ka akwa obo ụkwụ nọdụ mbọ ụkwụ nso [4] ma lana akwa ahụ n'azụ ọkpụkpụ mbọ ụkwụ dịka e zipụtara na ya bụ akwa (plasta). Jiri mpekele mma kopụta akwa a e kelara azụ site n'ibechapụ ya n'etiti plasta ahụ na mbụ site etiti na akụkụ ga-esotezi. Kwe ka akwa ara mbọ ụkwụ ahụ nwere onwe ha maka mgbatị zuru oke. Ịtụ otu nkedo plasta nke mbụ ahụ dị oge e mechara ya [5]. Obo ụkwụ ga – adị n'ekwuaịnọ ebe ụkwụ ga-adala azụ.

## Njirimara ndọtị zuru oke

Hụ na a dọtịrị ụkwụ ahụ nkeọma, were ya rute n'ogo o'ru 5 nke obo ụkwụ chere ihu n'azụ, tutu ọrụ amalite nahụ ahụ.

**Ama kacha mma** n'iji mee ndọtị zuru oke bụ inwe ike tụlee ọdịdị ikiri ụkwụ oge o siterela n'ọkpụkpụ ya pụta ihe.

**Ndọti ruru** ogo 60 dịka ọ gbasara ịhụ ege ọgọdọ nwere omume.

**Inwe obere vọlụgoọsị** nke os. kalụsis ihe. A na – eme nke a site n'tiri pụtara azụ ụkwụ aka ike na os kalos.

**Chẹtakwa na nke** a bụ nrụrụ dị n'ụdị atọ na kwa na a na-eme ndọtị ha n'otu oge. A na –eme ya site n'ime ka obo ụkwụ nọdụ n'okpuru isi akpụ ụkwụ ekwesịghị ka e chee ya ihu n'ala.

## Nlụpụta nke ikpeazụ.


Na njedebe ogbụgba ụkwụ, a, ụkwụ ahụ na-adi ka a gbafeela ya bụ ọgbụgba ofe, dịka ọ gbasara otu ụkwụ nkịtị kwesịrị ịdị, oge a na-aga ije. N'ezie, nke a apụtaghị ndọtị fere ofe. ọ bụ mgbatị ọkpụkpụ n'ụdị ọ dabara adaba. Ụdị a bụ iji dọtịzuo, dozichaa ma nye aka n'ime ka nsogbu a hapụ ilọghachi azụ na ịhụ na e nweghị ọghọm ọ bụla nye ya bụ ụkwụ na mgbe n'ihu.










## Nrụhie ọrụ nkedo

A gbasoro usoro ndị a  mapụtara, nrụhie agaghị abata n'ọrụ nkedo.

**Nrụrụ sitere n'azụ ọgọdọ ụkwụ:** Nrụrụ nke  a na-apụta ihe n'ihi mgbatị e jiri usoro na-adabaghị adaba mee dịka ọ gbasara ndọtị ụkwụ n'ụdị siri nnukwụ ike na-adagide n'ahu azu ụkwụ

**Mkpịsị ụkwụ** ịsụkọ asụkọ bụ maka nkesi ike e kesiri plasta n'elu ha.

**Nkedo ikiri ụkwụ** ịdị obosara pụrụ ịpụta ihe ma ọ bụrụ na oge a na-agbatị, e jiri ikike bịagide, kama ikenye mpe mpe akwa n'akpụ ụkwụ ahụ.

**A na –edozi mmerụ** ahụ dị ukwuu site n'ijiri mpe mpe akwa ọhụrụ bịagide maọbụ dọtịa ya.

**Mmerụ ahụ na-afụ,** ụfụ na-adị ma a gbasoro ajọọ usoro. Ama ndị kacha apụta ihe gụnyere isi akpụ ụkwụ ịdị n'elu ikiri ụkwụ, n'okpuru isi ọkpụkpụ mbọ ụkwụ na n'anụ ahụ na-enye aka makanjepụ ije.

**A na- enwe nkedo** n'ebe e nwere mmerụ dị omimi, dọtịa ma hapụ ya otu ahụ ru otu izu iji mee ka o ruchie. A ga-agakwu n'ihu ime mgbatị a ma, a ga-akpachapụrụ anya mee nke a.

## Mwepụ ihe nkedo:

Wepụ ihe nkedo ọ bụla n'ụlọọgwụ, tutu e tinye nke ọhụrụ. Hụ na e wepụghị ihe nkedo tutu e jee ụlọọgwụ maọbụ, n'ụlọ ọgbaa n'ihu na ime nke a pụrụ ime ka e leghara ọtụtụ ihe dị mkpa anya n'ime mwepụ ihe nkedo a ma ọ bụrụ na e meghị ya n'ụlọ ọgbaa.

**Nhọrọ usọrọ mwepụ ihe nkedo:** Hụna e jighị mkpà n'ihi na nke a pụrụ iyi nwa ahụ na ndị new ya egwu, meekwa ka mmerụ ahụ dịrị.

***Mwepụ mkpà Mee ka ihe nkedo*** a dịrị n'ime mmiri n'ihe dịka nkeji 20 ka o nwee ike dee (maọbụ rọọ arọọ) bịazie jiri  akwa dị mmiri kechie plasta a tutu mwepụ ya na-ewere ọnọdụ. Ndị new nwa ahụ nwere ike mee nke a n'ụlọ tutu ha agaa njem nleta a. Jiri mkpa plasta [1] ma bepụta ya nwayọ nwayọ [2] iji hụ na e nweghị mmerụ a'hụ. Buru ụzọ wepụta nkedo a na mpaghara ikpere [3]. Na njedebe, wepụta nkedo nke dị n'ala ala ikpere[4].

***Nrịrọ na mwepụ:*** Nke a bụ usoro kacha mfe maọbụ baa uru mana, ọ na –ewekarị oge. Mee ka nkedo dịrị na mmiri ofuma [5], mgbe ọ rọrọ ọfụma, tọchapụ ya bụ nkedo [6]. N'iji mee ka usoro a dịrịkwuo mfe, kwe ka ùsò akwa ahụ dịrị n'udị ọ ga-adị mfe na nkọta.


1


2


3


4



5


6

# Ndahie ndị na-apụtakarị ihe n’okwu nlekọta:


## Pronation or eversion of the foot

Nche ụkwụ n’elu: usoro a na-eme ka nsụrụ ụkwụ kachaa njọ[1] site n’ime ka mgbehu ụkwụ karịa otu ọ dị na mbụ. Ụkwụ ncheihu n’elu enweghị ihe ọ bụla ọ na-eme iji mee ka okpụkpụ ikiri ụkwụ a gbatịrịla agbati nọzie, bụ nke na-anọdụkwa otu  ahụ ọ dị nke n’okpuru ikiri ụkwụ. Ọ na-ebutekwaarịị nrụrụ ọhụrụ site n’ịtụgharị etiti na ime ụkwụ ma na-ebute obo ụkwụ a ịgba n’elu, dịka ọdịdị agwa. ***“Gị echela ụkwụ ihu n’elu”***.




## Ntụgharị obo ụkwụ na mpụta iji mee ka ndọti okpụkpụ ikiri ụkwụ ka dịkwa na mgbehu ụkwụ:

Nke a na-ebute ndahie mpụta keazụ akpụ site n’itụgharị akpụ ụkwụ. Ndahie a bụ nrụrụ site n’ime ikiri ụkwụ. Gbochie nsogbu a site n’ịdọtị ụkwụ na mgbehu na site n’ichetụ ya n’elu iji gbatịa ụdọ okpụkpụ mbọ ụkwụ tinyere mbịbịa maka elu mpaghara isi akpụ ụkwụ [2 ọnọdụ isi mbọ aka] Nke a na-emie ka ọkpụkpụ ikiri ụkwụ na mgbehu nwee isi.




## Mgbatị site n’usoro kite:

Kite kwenyere na e nwere ike idozi ihu ikiri ụkwụ site n’ịtụghari ọkpụkpụ ikiri ụkwụ Ọ mataghị na ọkpụkpụ ikri ụkwụ nwere ike ịtụgharị sọọsọ mgbe a dọtịrị ya (ya bụ ntụgharị na mpụta) n’okpuru ime ọkpụkpụ ụkwụ.

Ndọtị obo ụkwụ n’etiti ụdo jidere mbọ ụkwụ site n’iji isi mkpịsị mbọ aka (eze mkpsịsị aka) bịagide akụkụ mpụta obo ụkwụ dị ọkpụkpụ mbịakọrọ okpụkpụ ikiri ụkwụ nso [2 kpọm ojii] na-egbochi ndọti nso n’isi akpụ ụkwụ [2 kpọm keuhie].

## Casting errors

**Ka e mechara mgbatị ọkpụkpụ n’ọnọdụ dabara adaba,** ọ dị mma ime ka ụkwụ ahụ hapụ imeghari emeghari n’ụdọ [dị akpụ ụkwụ nso] oge ọ dịrịla na ndọtị kacha ogo. Na ndọtị, ụdọ a na-atọchapụ iji mee ka ndọti kwe omume mgbe ọzọ.

**Ndọtị maka ụkwụ** dị mkpụmkpụ: ndọtị a ga-erurịrị n’ihu nkwụsị ike [n’etiti apata abụọ mmadụ]. Ndọti ụkwụ dị mkpụmkpụ anaghị agbatị ọkpụkpụ ikiri ụkwụ [3].

**Mgbazi mbọ mkpọihu n’ala mgbe oge ya na- erubeghị:** Mbọ ọ bụla a gbara n’iji gbazie mbọ chere ihu n’ala tutu a malite ịgbazi ikiri ụkwụ na obo ụkwụ chere ihu n’elu ga-ebute nrụrụ ihu n’ala site n’ịdọtị mbịakọrọ ọkpụkpụ akpụ ụkwụ ozọ, site na ndọtị ime ikiri ụkwụ.




## Nhapụ itinye ihe nkwado abalị dabara adaba.

Gbanarị iji ihe nkwado ụkwụ dị mkpụmkpụ [4] maka na ọ naghị ejide ụkwụ otu o kwesịrị [4] ihe nkwado kempụta kwesịrị, ka e jiri ya rụọ ọrụ n’uju ruo ọnwa 3 na n’abalị ru afọ 4. Nhapụ iji ihe nkwado dabara adaba rụọ ọrụ n’uju bụ ya na-ebutekarị nlaghachi azụ n’ọrụ mgbatị.




## Attempts to obtain perfect anatomical correction

Mbọ dị iche iche n’iji nweta ndọtị zuru oke ọ dabaghị adaba ịsị na mgbazi e mere n’oge iji dozie ọkpụkpụ dahiere adahie ga-eme ka mmewere ọkpụkpụ e jiri ọtụtụ oge mee gosịpụtara nrụrụ n’ụdị n’ụdị. Ka o sila dị, a pụrụ ịtụ anya ka ụkwụ ncheihu n’elu rụọ ọrụ nkeọma ọtụtụ oge. E nweghị ihe ọ bụla jikọrọ nnyocha ọkpụkpụ na nrụmọrụ ọtụtụ oge.

# Njedebe akwara




## Àmà ngọsị njedebe akwara.

Njedebe akwara na-egosịpụta àmà pụrụ ime ka e nwee ike dozie mbọ nrụdere n'ala oge mgbehu ụkwụ ndọtị na ngosi ndahie bụ ndị a gbazirila n'uju mana, mgbehula azụ fọdụrụ ihe dị ntakịrị karịa ogo (digirii) 10 elu. Hụ na mgbatị zuru oke dị iji mee ka njedebe akwara nwee isi.

## Njirimara ndọti zuru oke.


Hụ na obo ụkwụ a, bụ nke mgbatị ya zuru ezu, ka ụkwụ ahụ nwee ike bata n'ime ntụ ala ogo 'o' ruo '5' tutu mmalite njedebe akwara.

**Àmà ndị kacha** mma maka ndọtị zuru oke bụ inwe ike lebaa anya nkeọma n'ọnọdụ ihu ọkpụkpụ ikiri ụkwụ oge o jiri ike na-apụta ihe site n'ọkpụkpụ akpụ ụkwụ.

**Mgbatị ruru** ogo 60, na ntụnyere ihu ime azụ ikpere nwere omume.

**Ntakịrị uru.** Enweghị na nnwem ntakịrị uru ahụ nke dị na 05 kalsiisi pụtara ihe. Ana – eme nke a site n'itisi azụ ụkwụ aka ike na 05 kalọs.

**Chetakwa na:** Nke a bụ nrụrụ dị atọ n'ime out, na kwa naa na –agbatị ha n'otu oge na – eme nke a site n'dọtiị obo ụkwụ, site n'okpuru isi ikiri ụkwụ. A naghị agba obo ụkwụ a ihu n'ala maọlị.





## Njikere

**Jikere ezinaụlọ** site n'ịkọwara ha usoro kọwaara ha na njedebe akwara bụ obere usoro a na-agbaso site n'aka onye anestetiiki na-ahụ maka ndị orịa, ma bụrụ ndị na-ebighị n'ulọọgwụ.

**Mee ka ngwaọrụ** gị niile dịrị na njikere tutu ị malite ọrụ [1]. Họrọ mma mbịakọrọ ọkpụkpụ gị dịka N11 maọbụ N15, maọbụ mma ntakịrị ọzọ.

**Njikere anụ ahụ.** Dozie obo ụkwụ a nkeọma site n'etiti ọgọdọ azụ ruo n'etiti obo ụkwụ, ebe onye nnyemaaka ga-ejiri otu aka ya jide obo ụkwụ a aka site na mbọ ụkwụ, ebe mkpịsị aka nke otu n'ime aka ya na apata ụkwụ ya na nke ọzọ [1 ihu na – esote].

**Mgbochi ụfụ:** E nwere ike jiri obere ihe mgbochi ụfụ ọdị nala dote nso n'akụkụ akaị ụkwụ [2 ihụ nke na-esote]. Matakwa na mgbochi ụfụ ọdịmala karịa akarịa, ọ na –eme ka nleba anya nkeọma n'akaị ụkwụ a sie ike ebe usoro a ga – esinyekwa ike nke ya.




## Njikere maka mbepụ akwara azụ:

Ka onye nnyemaka na-ejide obo ụkwụ a rue ogo ndala azụ, họrọ mpaghara jiri ogo 1.5 cm dịrị elu karịa akwara n'elu ọkpụkpụ ikiri ụkwụ. Mesa obere anestetiiki ọdịbendị dịrị nnukwu, ọ na – eme ka nleba anya nkeọma a hapụ inwecha isi ma meekwa ka usoro a sikwuo ike. Buru mmewere ahụ n'obi. Ukwu nuoroaskụla dị n'ime mpaghara ihu ikiri ụkwụ [2] Akwara jidere anụ ahụ na ọkpụkpụ [buluu mfe) dị n'okwu akaị (ọcha).

## Mpaghara ukwu anụ ahụ

Tinye mma ntakịrị a, site n'etiti che ihu n'akaị ozigbo [3 ihu nke na-esote]. Dote ya mbadamba n'etiti akaị. Ọ dị mme ka mkpachapụ anya dịrị, ka hapụ ịdị mmerụ ahụ hiri nne. Okwu akwara azụ (ocha) anaghị enwe nkewa. Ọ na-akwụrụ chịm [3]. A na-atụgharịzị mma ahụ nke wa na ihu nkọ ya ga – eche n'azụ nso akaị ụkwụ, a bịazie tụgharịa ihu mma a azụ. A na –emetụ otu pọọpụ aka oge mpaghara a dị nkọ na mma ahụ, na – ahapụzi akai ahụ obere obere. A naghi ebepụ akaị kpamkpam karịakwa ma e metụrụ pọọpu a aka mgbehula azụ dị ka ogo rurụ site 15 ru 20 ka a na-enwetakari ka mpaghara ukwu anụ ahụ (4 ihu na-estote).
















## Mgbatị ka nke ukwu akwara gasịrị

Ka a gbatịchara ọkpụkpụ ụkwụ, site n’ukwu akwara, tinye nkedo nke ise [5] ka e merela obo ụkwụ agbatịa rute ogo 60-70 dịka ọ gbasara akpụ ụkwụ na mgbehu azụ dị 15. Obo ụkwụ bịaziri dịka a gbafere ya ofe dịka ọ gbasara apata. Nkedo a na-ejide obe ụkwụ a ruo izu 3 ka e mechara mgbatị. Ọ bụrụ ya arọọ arọọ maọbụ metọọ tutu izu 3, o kwesịrị ka a gbanwee ya, N’ezie, e nweghị ịnụ ọgwụ dị mkpa. Nke a na-abụkarị ọgbụgba nke ikpeazụ n’usoro nlekọta.

## Mwepụ ihe nkedo:

A na-ewepụ ihe nkedo a ka izu 3 gasịrị. Mgbehu ruru ogo iri abụọ nwere omume ugbu a. Ọgwụgwọ akaị ewerela ọnọdụ. Ọnya pụtara ihe site n’ọgbụgba ụkwụ a bụzi ntakịrị ihe. Obo ụkwụ adịla na njikere maka ihe nkwado (6 ww). Ọ dị ka a gbatịfeela ya bụ ụkwụ. Nke a na-ebutekari obi iko n’elu nye ọgbaa. Kọwaa na nke a abụghị mgbatịfee ofe, na ọ bụ mgbatị zuru oke.

## Ndahie na-abata n’oge omume njedebe anụ ahụ dịka ọ gbasara mgbatị.

**Mgbazi mbọ mkpọ ihu n’ala mgbe oge na –erbeghị:** Mbọ iji gbazie ụkwụ tutu a gbazie ahụ ikiri ụkwụ na ikiri ụkwụ iche ihu n’elu ga-ebute nrụrụ. E nwere ike gbatịa mbọ chere ihu n’ala site na mbịakọtara ọkpụkpụ akpụ ụkwụ ọzọ na ndọti ime ụkwụ. Mbepụ akwara azụ apata na-apụta ihe oge mgbehu ụkwụ, mgbatị na ngosị ndahie nwetacharala ndọtị nke ha.

**A hapụ ịgbatị ukwu anụ ahụ n’uju:** Mgbatị nzamaahụ e jiri pọọpu maọbụ “snaapụ” na –egosịpụta ukwu anụ ahụ n’uju. Ọ bụrụ na e meghị nke a, ọ pụtara na e nwetabeghị ukwu anụ ahụ n’uju, ma ọ bụrụ na e nweghị pọọpu maọbụ snaapụ.



## Ihe ńkwàdó

### Bracing is essential

Na njedebe mgbatị, a gbatịala obo ụkwụ n’ebe o fere ofe nke kwesịrị irute ogo 60-70 [mpaghara ụsọ apata]. Ka e mesịrị na mpaghara ukwu anụ ahụ, a na-hapụ nkedo ikpeazụ ru izu 3. Ndụmọdụ Ponseti ugbu a chọziri ihe nkwado n’iji nyere obo ụkwụ a aka n’igbatị na mgbehu. Nke a bụ ókè a tapadoro rírírí ikpeazụ nke ákpó ụkwụ  mbọ ghere oghe. A chọrọ ogo mgbatị obo ụkwụ  iji mee ka mgbatị ọkpụkpụ ikiri ụkwụ na nke ihu ụkwụ  bụrụ ihe dịịrị gawa ma gbochie nlọghachi azụ. Uru akwara ndị dị n’ime ka na-adịrị na mgbatị ya ma ọ bụrụ na a na – etinye ya ihe nkwado a ka e mesịrị nkedo. Na nkwado, ikpere na – anọdụrụ nke onwe ha, ka nwata ahụ nwee ike na-eme ngagharị iji gbatịa akaị. Mgbatị a na-eme obo ụkwụ n’ihe nkwado a, tinyere obere mgbehu (okpomọọkụ) pụọ n’ahụ ya bụ nwa) na-emeka ụkwụ ndị a na-erute n’ala nkeọma. Nke a na-enye aka n’iji gbatịa anụ ahụ na akwara akai ikiri ụkwụ nke gastroknemiọsị. Ịchọwa ihe mgbochi nloghachi azụ nrụrụ adịghịzi mkpa n’ihi na ha na – esite na sọọsọ mgbehu a eme ka obo ụkwụ gbatị a.

### Bracing protocol

Usoro omume ihe nkwado ka ọ gasịrị izu 3 e mesịrị na mpaghara ukwu anụ ahụ bụ mgbe a na-ewepụ ihe nkedo wee tinyezie ihe mgbakwụnye ozigbo. Mmewere ihe nkwado a bụ mbọ ghere oghe bụ nke akpọ ụkwụ nke ikpeazụ dị elu ririri e kedoro n’osisi ogologo [1]. Maka oge ọ gbasara ndị dị otu otu, a na-edote ihe nkwado a n’ogo dị 60-70 nke ntụgharị mpụta na mpaghara ụkwụ chere ihu n’elu na site n’ogo 30-40 nke ntụgharị mpụta na mpaghara dị n’ụdị kwesịịrị ya [2]. N’ebe ọ gbasara ndị dị abụọ abụọ, a na edote ya n’ogo 70 nke ntụgharị mpụta na mpaghara nke ọ bụla. Osisi nkwado a kwesịrị ịdị n’ụdị a tụrụ anya n’ogologo ka ikiri akpọ ụkwụ a nwee ike toruo ngụ ma a bịa na mbadamba [2]. Aro na-adịghịzị mma n’ịtụ bụ ịsị ka e jiri osisi nkwado na –adịghị ogologo, bụ nke na – agaghị adịrị nwa ahụ mfe. Osisi nkwado na –ehighị nne na-ebute ọrụ mgbatị ịdabaghị n’usoro. Ọ dị mma ịpịaji osisi nkwado a rute n’ogo dị 5 ru 10, mana kọnvesiti ga-adị anya n’ebe nwa ahụ nọ, n’iji jide ụkwụ ahụ na mgbehula azụ.

O kwesịrị ka e yiri osisi nkwado a oge dum (ma n’ihe ma n’abalị) n’ọnwa atọ nke mbụ ewepụcharala ihe nkedo. Ka nke a gasịrị nwa ahụ kwesịrị ịna-eyiri osisi nkwado ahụ ihe dịka awa 12 n’abalị, na-eyi ya awa 2 ruo 4 n’ehihie, n’ihe dị ka ọnụọgụgụ dị 14 ruo 16 n’awa, n’awa 24 ọ bụla. Usoro mgbakwunye ihe nkwado ga – adịgide ru oge nwa ahụ gbara afọ 3-4.


Kwa mgbe kwa mgbe, nwata a ga na-enwe ihe oke nramahụ n’ikiri ụkwụ na na mpụta azụ okporo ikpere ka o ji osisi nkwado a na-aga. N’oge dị otu a, dịbịa a kwesịrị ịkwụsị ntụgharị akpọ ụkwụ ahụ dị n’osisi nkwado site n’ogo 70 gbadaru ogo 40.

### Uru emem nkwado

Mbọ Ponseti  tinyere isite n’anụ ahụ nke ukwu anụ ahụ n’oge dum egosịpụtala nlụpụta bụ ịgba ka o sila dị, ma e nweghị nsogide site  nlọghachi nsogbu ahụ na-eru ogo 80%. Nke a megidere nlọghachi ahụ dị 60% n’ebe ọ gbasara ezinaụlọ ndị na-eme nke a. Morcuende na ndị ọzọ.

### Mgbe kwesịrị ịkwụsị ime nkwado.

Ru ole mgbe ka nkwado nke abalị kwesịrị ịga n’ihu? Dịka ọ dị n’ịmata ogo nrụrụ, aro anyị bụ ka ụkwụ niile gaa usoro nkwado ru atọ 3 na 4. Imeriime ụmụaka na-agafe usoro a otụtụ oge nke na, ọ na –abụzi ụzọ ndụ ha. Ọ bụrụ na afọ 3 agasịa, nsogbu adịkwaa, ọ pụrụ ịbụ ihe dị mkpa ka a kwụsị nkwado a. A na-esogide nwata a iji hụ àmà  nlọghachị n’oge, o kwesịrị ka a maliteghachị emem nkwado a ọzọ ozigbo.






## Ụdịrị emen nkwado

Mmegharị n’ụzọ mbụ nke nkwado Ponseti nwere uru ụfọdụ. N’iji gbochie obo ụkwụ a isite n’akpọ ụkwụ ahụ dakapụ, e nwere ike dote íbé ákwà n’elu akpọ ụkwụ ahụ [1]. Atụtụ ọhụrụ a na – eme ka obo ụkwụ nwere onwe ya oge ọ dị n’ime ihe nkwado, na-adị mfe n’ịtinye ya nwata ma kwe ka ọ gagharịa. Ịdị mfe a pụrụ inye aka mee ka e nweta mgbazi dabara adaba. Ọtụtụ n’ime ihe nkwado ndị a ka e gosịrị [1-7].

**H.M. Steenbeek** bụ onye na-arụrụ Christ Offel Blinden Mission ọrụ na katelemwa Cheshire Home na Campala, na Uganda, gosipụtara ihe nkwado e nwere ike isite na ngwaọrụ dị mfe ma dịrị nso mepụta [2]. Ihe nkwado a bara uru n’ime ka ọrụ mgbatị bawanye ụba, dị mfe n’iji rụọ ọrụ, dị mfe na mmepụta; na-adịghị ọnụ, ma ya abakwa uru nye ụdị ọrụ dị iche iche [Ihu 26] maka ozi n’uju banyere ka e si emepụta ya, kpọtụrụ Michiel Steembeek na steenbeek.michiel@gmail.com maọbụ www.global-help.org.

**John Mitchell** esitela na ntụziaka Dkt. Ponseti sepụta ihe nkwado. Ihe nkwado a nwere akpọ ụkwụ bụ nke e jiri leda rọrọ arọ nkeọma na obo ụkwụ rọba  wee mee ma bụrụ akpọ ụkwụ e mere ka ya na ụkwụ nwata ahụ dịrị nhatanha. Nke a mere ka ya bụ akpọ ụkwụ dịrị ezigbo mfe n’iji gaa ije [3]. Hụ: www.mdorthopaedics.com


**Dokita Matthew Dobbs** nke ụlọakwụkwọ ngwọmọrịa na mach-adum Washington dị na St. Louis, USA mepụtara ihe emem nkwado ọhụrụ maka ụkwụ chere ihu n’elu, bụ nke na- ekwe ka ụkwụ ahụ nwee ike gagharịa ma na-ejidekwa ntụgharị obo ụkwụ n’ụdị a tụrụ anaya [4]. Ọtọsiisi nke akpọ ụkwụ ka a chọrọ dịka mpaghara ihe nkwado a iji gbochie ntụgharị ihu akpụ ụkwụ.

**M.J. Markel** mepụtara ihe emem nkwado nke na-enye ndị nne na nna ohere iji buru ụzọ yinye nwa ha akpọ ụkwụ bịazie sụnye akpọ ụkwụ nke ọ bụla n’ime agbaị osisi ahụ [5].

**Dkt Jeffrey Kessler** nke ụlọọgwụ kaiser dị na Los Angeles, na USA, mepụtara ihe emem nkwado na-adịghị áró, dịkwaghị ọnụ na ngote. Ejiri rọba siri “⅛” n’ike wee mepụta ya. Ihe nkwado a pụrụ ime ka nnabata usoro dịrị n’ihi na, nwata a nabatara ya nkeọma. Hụ JPO-B 17:247 2008.

**Dkta Romanus** mepụtara ihe emem nkwado na Sweeden [7]. E jiri rọba rọrọ arọ mee akpọ ụkwụ a n’ụdị na ya na obo ụkwụ nwata ahụ ga-adị nhatanha. E jiri leda na-enweghị ntụpọ kpuchie ime ya nke mere ka mmepụta ya dịrị ezigbo mfe. A na – eji nchichi ntu kedosie ya bụ akpọ ụkwụ ndị a ike n’agbaị osisi ahụ.


















## Ngawanye n'emem nkwado.

Imeriime eziaụla na-adagba bụ ndị ahụ ghọtara nlekọta n'usoro Ponseti na uru ime emem nkwado a bara.



### Ngawanye n'ihu n'ihe nkụzi:

Jiri ohere ọ bụla kụziere ezinaụlọ ihe banyere nlekọta n'ụzọ Ponseti..

**Ihe ederede** dị oke mkpa ma ọ bụrụ na ọ dị. Akwụkwọ ndị e bipụtara site n'oge ru n'oge na-aba uru karịa ekwurunọọnụ [1].

**N'oge ndọtị n'izu n'izu.** Ka a na –eme nkedo ọ bụla jiri ohere ahụ kọwaa maka nlekọta ma rụtụ aka n'ụru dị n'ime nkedo bụ nke e ji eme ka ndọtị gawa n'ihu. Zaa ndị ezinaụlọ ajụjụ ọ bụla ha jụrụ. Che ihu n'ezinaụlọ ndị nwere ọnụnụ ọkụ n'obi ma zaa ajụjụ ha dum.

**Jikere ezinaụlọ maka emem nkwado** Mata na nkụm afọ n'ala pụrụ ịbata, ọ kachasị, site n'ịkwụsị ime ihe nkwado n'oge na- ekwesịghị ime nke a. Gaa n'ihu n'ịma ọkwa mkpa mpaghara nlekọta a dị. Mee ka ezinaụlọ mata na ngawanye n'iji ihe nkwado rụọ ọrụ a dị mkpa otu ahụ ọ dị site n'inweta ndozi site na nkedo na n'ukwu anụ ahụ.

### Ndụmọdụ maka ime nkedo:



**Kesaa ihe omume:** ozigbo e emchara mgbazi, dụọ ezinaụlọ a ọdụ ka ha jiri ihe emem nkwado kpọrọ ihe. Inye nna ihe omume ga-adaba n'oge ụfọdụ.

**Mee ka ihe nlere anya dịrị iji gọsịpụta na ezinaụlụ a pụrụ ime nkwado.** Gosị otu e si ekedo ihe nkwado a. Wepụ ihe nkedo a n'ihu ha ma gwa ha ka ha kedo ya, ka ị na –ele ha anya. Hụ na nwata ahụ nọziri nkeọma na ya bụ ihe nkwado. Ọbụrụ na ọ dịiraghị ya mfe, wepụ ihe nkwado ahụ ma lee ya anya nkeọma iji hụ na e nweghị mmerụ ahụ sitere na nkwado ahụ mee ya bụ nwata [2].

**Ijikere nwata a:** N'ụbọchị ndị mbụ a, tụọ aro ka e wepụ ihe nkwado ahụ, nwa ntakịrị oge ka nwata a nwere onwe ya. Dụọ ndị new nwa a ọdụ ka ha hapụ ịtọpụ ihe nkwado ahụ oge nwa a na-ebe akwa. Usoro a ga-enye nsog-bu n'isoro ma ọ bụrụ na nwata ahụ achọpụta na a ga-ewepụ ya ihe nkwado ahụ oge o bere akwa. Mee ka ndị new nwa ahụ hụ ọrụ ime ihe nkwado a dịka otu ihe kwesịrị ịdị na ndụ nwata ahụ oge a ọ nọ na nwata [3].

### Nsochi azụ



**Yie ụbọchị nlọghachi azụ gị n'ihe dịka mkpụrụ** ụbọchị 10-14 iji hụ ka ha si eji ihe nkwado a arụ ọrụ. Ọ bụrụ na usoro a na-aga nkeọma, yie ihe dịka ọnwa atọ dị n'ihu maka ụbọchị mbịaghachi gị. .N'oge ahụ, e nwere ike kwụsị ịna-ekedo ihe nkwado a site n'ụtụtụ ru n'abalị. A ga-etinyerịrị ihe nkwado a n'oge nhim ụra nwata ahụ ya na oge ọ ga-ehi nnukwu ụra n'abalị.

**Gosị nnyemaaka:** Ọ bụrụ na ezinaụlọ enwee nram ahụ n'ihe nkwado a, kwado ha ịkpọ gị maọbụ ha abịaghachị n'ụlọ ọgwụ.

## Ụdịdị ọdachi

### Types of barriers

**Ụdịdị usoro nlekọta ụkwụ ncheihu** n'elu ndị ọzọ. Ndị nne na nna nwere ike chọọ usoro ndị ọzọ na-abụghị nke Ponseti maka ọrụ nlekọta. Ọgwụ ọdịnala na usoro ndị ọzọ anaghị adaba, tinyekwara na ha na-egbu oge ma mee ka nlekọta Ponseti dịrị kwuo ike. Soro ezinaụlọ a chọọ uzọ a ga – esi gboo mkpa a. Chọọkwa nnyemaaka ndị ọzọ na-ahụ maka ọrụ ahụ ike, na kwa ọhanaeze.

**N'ụfọdụ nkwenye,** ndị obodo nwere ike sị na ụkwụ ncheihu n'ala bụ nlụpụta nkọcha si n'aka ụmụajọọ mmụọ, amụsụ, nkọcha maọbụ ajọọ omume nne nwa ahụ [1]. Ozi nduhie nwekwara ike sochie ụdị nkwenye a iji mee ka a sị na nlekọta n'usoro Ponseti angaghị arụ ọrụ.

**Ọ bụrụ** e kwenye na nwata a nwere nrụrụ ụkwụ ma ọbụ ụdị nrụrụ ọzọ nọ n'ọnọdụ a n'ihi ajọọ omume ezinaụlọ ya, nwata a ga-abụzi ihe ihere, ma na – ezo onwe ya ezo.

**Ọmụmụ n'ime obodo:** ụmụaka a mụrụ n'ime obodo na-ebute nsogbu pụrụ ichie. Ha apụghị inweta uru nnyocha ahụ na-esite n'aka onye ọrụ ahụ ike. E nwere ike ezinaụlọ ụmụaka dị otu a agaghị achọpụta na nwa ha nwere ụdị nsogbu a. Nke a ga – emekwa ka ha hapụ ịhụ mkpa okwu ọgwụgwọ dị, n'oge.

### Ngabiga ọdachi ga.

Nyere ndị nne na nna aka n'igabiga ọdachi site n'usoro ndị a na-esote.

**Mee ka e nwee ụlọ nlekọta.** Mee ka ngwa ọrụ n'usoro Ponseti dịrị maka onye ọ bụla n'obodo.

**Mee ka ndị nna sonye kwado** ndị nna ịna-esoro ndị nne na-abịa ụlọọgwụ na kwa ka ha soro na nlekọta. Ndị naa ghọtara nna kwere na ha kwesịrị iso ka ọ dịkarịrị omume na a pụrụ inweta nkwado nye nwunye ha na n'ilekọta nwa ahụ [2].

**Kpaa aro maka nlekọta ma tọọ ntọlaa maka nlọghachi azụ.** Mee ka ndị na-enye aka mata maka ụkpụrụ ọgwụgwọ a niile (nleta ugboro 20 n'ime afọ anọ).

Ntụlekọrita aro na mmapụtakọrita ụkpụrụ otu ha ga-esi nweta ego kwesịrịnụ. Gwa ndị nne na nna ma ọ bụ ụlọọgwụ ga-ahụ maka ego a ga-emefu na nlekọta. Nye ndị nne na nna ntụziaka maka otu ha ga-esi hụ ebe dị iche iche e nwere ọfiisi maka nlekọta n'usoro Ponseti.

**Ezi mmekọrịta:** kwado "okike nnyemaaka" site n'ezi mmekọrịta iji gabiga ọghọm ndịa. Ndị new nwa na ndị nnyemaaka ọzọ na –eke ego mmefu na ihe ndị ọzọ. Ndị na-ahụ maka ọrụ ahụ ike na-ekere ego mmefu na ọrụ ndị ọzọ dịirị ezinaụlọ a. Cheba uche maka ịrịọ ndị otụ ụka, alakụba, ndị ọrụ ebere, na ndị ọsọ enyemaaka ka ha bịa nyere ụmụogbenye aka site n'okwu ejealọ maọbụ ndị enyemaaka ndị ọzọ.

### Education, respect, and reassurance

**Ndụmọdụ, ugwu na mgbam ume:** kọwaaru ndị new nwa na ọhaobodo maka ụkwụ ncheihu n'elu, ihe ndị na-ebute ya na kwa ndị ọrụ usoro ahụike pụrụ ilekọta nsogbu ndị a. Nke a ga – enye aka n'iji mee ka a nabata ya bụ ọnọdụ.

**Sọpụrụ mkpa ọ dị,** ndị nne ilaghachị ụlọ ha ọsọ ọsọ site na-egbughị ha oge na-ekwesịghị ekwesị..

**Meghachị** ka a mata na nsogbu a esighị ndị new nwa ahụ n'aka, na kwa na a pụrụ ịgwọta ya kama na, ọ ga – egbu oge.





## Nlọghachi ụkwụ ncheihu n'elu

### Ichopụta nlọghachi azụ

Ozigbo e wepụrụ ihe nkedo a wee bido ime nkwado, gbaa mbọ maka ịhụ nwata ahụ ọzọ n'usoro ndị a na-esote n'iji hụ mgbasoro usoro na ihe gasịrị na nlọghachị dị, n'ezie:

**N'izu 2,** ịchọpụta usoro abali na nke nhimụụra ehihie.

**Ruokwa n'afọ 3,** tụlee n'ọnwa 4 niile iji hụ na mgbaso usoro dị na kwa na nlọghachi pụtara ihe.

**N'agbata afọ 3 na 4,** gaghachị n'ọnwa 6 ọ bụla

**Site n'afọ 4 ru oge ntolite,** gaghachị kwa 1-2 n'afọ.

### Nlọghachi n'oge

Nwata ahụ na –egosịpụta na mghatị ụkwụ na nke ndọla azụ adịịraghị ya nife, tinyere nlọghachite nke ndọtị ukwu na mgbehula azụ ụkwụ.

### Nlọghachị metụrụ obere ụmụaka:

site n'inyocha obo ụkwụ nwata a n'apata nne ya na n'oge ọ na-aga ije, chọpụta ama ndị gosịpụtara nrụrụ. ka nwata a na-agaru onyocha nso, nyochaa maka nche obo ụkwụ ihu n'elu ya. Nche n'elu na-abụ maka na anụ ahụ ihu okporo ụkwụ azụ imegide peronịaalụ nke obere [1]. Ka nwa ahụ si n'ihu onyocha na-apụ, lee anya maka ngosị ndahie nke akpụ ụkwụ [2].

O kwesịrị ka e nyochaa ogo mmegharị ahụ akpụ ụkwụ nwata nọ ọdụ na-enweghizi ike maka mgbehula azụ na ike nnabata mgbehula azụ. Lee maka ogo ngagharị nke mpaghara akpụ ụkwụ na nke etiti akpụ ụkwụ. O kwesịrị ka ọkpụkpụ ndị a megharịa onwe ha ahụ na – enweghị onye ga-eghochi ha nke a. E nweghị ikike ngagharị gosịrị nlọghachị azụ.

### Mkpatara nlọghachi azụ

Ihe na – ebutekarị nlọghachi azụ bụ agbasoghị usoro emem nkwado. Morcuende chọpụtara na nlọghachị dị n'ogo 6% n'etiti ezinaụlọ ndị gbasoro ezi usoro, ebe ọ na-adị 80% n'etiti ezinaụlọ ndị na-agbasoghị ya. Ọ bụrụ na nlọghachi n'ọnọdụ ochie abata n'etiti ụmụaka e mere ihe nkwado, ihe kpatara ya bụ akwara na-anọzighị ahọzi p'okpuru obo ụkwụ ma bụrụ nke pụrụ iduba n'adịghị mụrịa mụrịa nke obo ụkwụ na nlọghachị.

### Nkedo maka nlọghachi ga

E legharala nlọghachị Anaya. N'àmà nke mbụ nlọghachi ọnọdụ, tinye ihe nkedo site n'otu ruo n'atọ iji gbatịa obo ụkwụ a ma nwetaghachị mgbatịzu. Nke a na nke Ponseti mbụ bụ otu ihe ahụ kwa. Ozigbo e doziri nrụrụ ahụ site na ndọtị, bidoghachị ime ihe nkwado nke ngbakwunye osisi. Ọ bụrụgodụ na nwata nlọghachi nke ya fere ofe, mgbe ụfọdụ, mgbatị na-adaba nkeọma [3].

1


2


3


## Nlọghachi mbọ rụdere n’ala

Nlọghachi nke ọnọdụ mbọ ịrụde n’ala bụ maka nrụrụ pụrụ ibutere ọrụ nlekọta ezigbo ọdachị. Ọ na-adị ka okporo ụkwụ na-eto ngwa ngwa karịa akaị ụkwụ. Akwara anaghịzi arụ ọrụ nkeọma, akai wee dịrịzie ogologo ma nwee ihe ótútó [1].

Dọtịa site n’usoro nkedo ụkwụ dị ogologo ka a dọtịrị obo ụkwụ ikpere enwere onwe ya. Gaa n’ihu n’ime mgbatị kwa izu ruo n’oge ụkwụ ahụ hulara azụ rute n’ogo ‘0’. Ọ bụrụ na e nwetaghị nke a, site na mgbatị dị 4-5 n’ụmụaka ka nọ n’afọ anọ, meghachị ndụdụ ahụ na mpaghara ukwu anụ ahụ ikiri ụkwụ. Ozigbo e dozirii ọnọdụ mbọ ịrụ n’ala, gaghachi azụ n’ọnọdụ usoro emem nkwado abalị.



## Nlọghachi ngosị ndahie ikiri ụkwụ

Nlọghachi ndahie ikiri ụkwụ ka pụta ihe karịa mbọ nrụdere n’ala. A pụrụ ịhụ ha oge nwata ahụ kwụ ọtọ [2]. E kwesịrị ịmalite ọrụ ndọtighachi ụkwụ nwa ahụ oge ọ nọ n’agbata ọnwa 12 na 24, ezigbo mgbaso usoro nkwado wee na esote.



## Ncheihu n’elu pụrụ iche

N’agbata atọ 3 na 4, ụfọdụ ụmụaka nwere naanị nrụrụ gbasara nche ihu n’elu ga –eketa oke na ndufe okporo azụ ụkwụ [3]. Ndufe a na-akachadịrị ire ma ọ bụrụ na nsụrụ ahụ bụ nke pụrụ iche na-anọkwaghị ofu ebe. Gbuo oge n’usoro a ruo oge ọnwa 30 gasịrị bụ oge àbụbà gbọrọla ọkpụkpụ. Ihe nkwado ụkwụ adịzighị mkpa ka e mechara ndufe a.



## Mmechi:

Ndaghachị ọ bụla were ọnọdụ ka mgbatị n’usoro Ponseti wechaara ọnọdụ na-adị mfe na nlekọta karịa ndị were ọnọdụ oge a gbchara ha site n’usoro ọgbụgba ọkpụkpụ ọdịnala.

# Ụkwụ ncheihu n‘elu gbara gharịị

Imerịịme ụkwụ ncheihu n’elu na-anọzi ka e jirila usoro nlekọta Ponseti lekọta ha nkeọma n’ihe ruru ugboro ise. Ụfọdụ ụkwụ ncheihu n’elu nwere ọdịdị pụrụ iche nke na-eme ka ha wee ezigbo oge na ndọtị, wee site n’otu a mee ka nlekọta ha sie ike karịa otu kwesịrị ekwesị. Ụdị ụkwụ ncheihu n’elu jiri otu  a sie ike ka a pụrụ ime nkewa n’ụdị dị iche iche.




## Ụkwụ ncheihu n’elu a na –agbatịghị.

E gbuo oge na mgbatị ụkwụ ncheihu n’elu a na-amaghị ebemsibia ya, nlekọta ya  na-aka dịrị njọ ma na-anọkasị ọdụ na ngwọta. Ngwọta zuru oke nwekwara omume ka nwata ahụ na-etopụta.

N’iji maa atụ, nwata nwoke a nọ afọ 3 nwere ụkwụ nchieihu n’elu a na-agwọghi [1] mgbe kwesịrị ime nke a. Ugbu a, e jirila usoro nkedo isii lekọta ya [2], bụ nke ihe sotere bụzi tenotomi bụ nke jidere ihe nkedo a ru izu 6. A gbatịrị ụkwụ ahụ n’uju [3]. Site na nka Dkt. Shatique Pirani.



Na-agbanyeghị afọ ole nwa ahụ nọ, jiri kpọmkwem, usoro Ponseti otu e si eji ya ruọ ọrụ malite, na-ebu n’uche na ọ pụrụ ịdị mkpa na a ga-achọkwa a ka a ga – arụ ya ọza ma e mesịa. Ọ bụrụ na ọgbụgba ezughị oke mana, a chọkwaghị ịnabata nrụrụ fọdụrụ, e nwere ike chọo iji ọkpụkpụ rọrọ arọ ịrụzu ọrụ agbugba a.




## Ncheihu n’elu gbara gharịị.

Ụfọdụ ụkwụ chere ihu n’elu na-akarịcha enye nsogbu na ndọtị. Ha nwere ike sie ike n’ụdị a na-ejighị mara ha. Ya bụ na ụdịdị a na-esi ezigbo ike n’ihi na ọ bụghị usoro Ponseti ka e jiri gbaa ya. Ụdị ọgbụgba a na-eme ka nrụrụ ọzọ pụta ihe bụ nke na –eme ka nlekọta sikwuo ike.

**Nnwale** Oge ụfọdụ, nnwale na-egosịpụta obo ụkwụ chere ihu n’ala nke ukwu n’akwara jidere mbọ ụkwụ ahịrị dị n’elu ikiri ụkwụ na n’elu obo ụkwụ [aro edo edo 5] na mbọ ụkwụ buru ma dịkarịa mkpụmkpụ.

**Ọgwụgwọ n’usoro Ponseti** jiri mkpachapụ anya bụ ịgba na nkedo malite. A mata na ngwọta ga – adị anya ya na na ogo ndaghachị azụ na-ehi nne.

***Ndọdọ:*** Kpachapụ anya ma chọpụta isi akpụ ụkwụ na mpụta. Ọ pụtaghị ihe dịka ihu usoro ọkpụkpụ ụkwụ. N’oge ndọtị, mkpịsị aka nke anọ kwesịrị ịdabere n’elu azu nke maliolọọsị ebe isi mkpịsị aka nke otu  aka ahụ ga-abịagide mpụta isi akpụ ụkwụ a hụ [4]. A dọtịla gafee ogo 30 ka e rurula ogo 30, ihe ihu na, ọ kachasị, na ndọtị mgbehu mbọ ụkwụ ahụ rude re n’ala. A na-emetụ akwara mbọ ndị a niile isi mkpịsị aka n’out oge ahụ [4].





***Nkedo:*** Hụ na e mere ka nkedo rute n'elu mpaghara ikpere n'ogo '110' na nhuda ọnụ ụkwụ iji gbochie nhichapụ. Ihe dịka nkedo dị 6-8 pụrụ ịdị mkpa maka ndọtị nrụrụ.

***Ụsọ anụ ahụ:*** Ụsọ anụ ahụ dị mkpa n'ọtụtụ oge. Mee ụsọ anụ ahụ ka e dozirila mbọ ụkwụ na – arụde n'ala. O pekarịa mpe, ogo mgbehu azụ '10' dị mkpa. Oge ụfọdụ, ọ dị mkpa ịgbanwe akwa nkedo n'izu ka e mesịrị ụsọ anụ ahụ iji hụkwuo na mgbehu azụ zuru oke ozigbo e mesịrị ụsọ anụ ahụ.

***Wedatụ aka n'ogo*** mgbatị na mpaghara ọ gbasara ru ogo 30 na mpaghara obo ụkwụ nkwado dabeere. Usoro nlekọta n'ụdị ngarute ka bụkwa otu.

## Ụkwụ ncheihu n'elu ndị ọzọ gbara gharịị.

Ụkwụ ncheihu n'elu ụfọdụ na –esoro nrụrụ mbupụtaụwa ndị ọzọ na-apụtakọrịta. Nrụrụ ndị a gụnyere otrogriposis [1] maye lọ meningosele [4] na ama ọrịamkpokọta ndị ọzọ. Oge ụfọdụ, àmà ọrịamakpokọta ndị ọzọ na-ebute njikọ akwara gbara gharịị. Ma anụ ahụ ndị ọzọ rọrọ arọ. Ụkwụ ncheihu n'elu ama ọriamkpokọta kacha sie ike n'ọgwụgwọ mgbe ụfọdụ kwa, ọ bụ mgbawa bụ òbùbè ya.

**Atrogriposiisi:** Jiri usoro Ponweti bụ ịgba \malite. E nwere ike, (dị mkpa ime emem nkedo dị, site n'atọ itoolu ruo 15 mgbe ụfọdụ. Ọ bụrụ na ngwọta adabaghị, e nwere ike gawa maka ọgwụgwọ n'usoro bekee. Ogo ọgwụgwọ n'ụzọ bekee agaghị esizi ike maka na e burula ụzọ mee ya n'usoro Ponseti. Usoro mpụta ga-agbada n'ebe ọ gbasara ndụfe akaị ụkwụ azụ ime ikpere, akwara ikiri ụkwụ [2] ya na mkpịsị ụkwụ ukwu ahụ [3] nwere ike ịpụta ihe. Ọgwụgwọ nkwado dị mkpa ma nweekwa ike chọọ ngawamye n'ihu ka nwata a na-etopụta mmadụ.

**Myelodysplasia:** Maka uche ezughị oke ọgbụgba kwesịrị ka a kpacha pụrụ anya mee ya iji gbochie mmerụ ahụ. Tinyekwuo mpempe akwa [5] ma e kwela ka ọbịbịa aka na ya karịa akarịa..

**Àmà mkpokọta ndị ọzọ.** A na – ahụ na ụkwụ ncheihu n'elu na-esotekwa ama ọriamkpokọta ndị ọzọ dịka distrofik displasia, mobiọs sindrọọmụ na piere robin sindrọọmụ, wiedemann- Beekwith sindrọọmụ. Ịrụzi ọrụ n'ogologo oge ya na-agbado ụkwụ n'ụdị ọrịamakpokọta dị ebe a karịa n'ụkwụ ncheihu n'elu ahụ.

## Nlekọta nrụrụ ndị fọdụrụ


Ọ bụrụ na ndotị ezughị ezu mana ọ nabataghị nrụrụ fọdụrụ, mgbawa ụkwụ nwere ike bata. Jiri usoro nkedo Ponseti bido. Ọ bụrụgodụ na ọgbụgba ezughị oke, e meela ka nhịa ahụ nrụrụ ahụ belata ebe mgbawa ụkwụ na-ehighị nne bụ ihe ga-adị mkpa. Mgbawa ụkwụ obere pụtara nsimiike obere, ike ọgwụgwụ na mgbu n'oge emere okenye. Họrọ usoro gbado ụkwụ n'afọ ole nwa ahụ nọ ya na n'ogo na ụdịdị nrụrụ. Mata na ụkwụ ncheihu n'elu ọgbụgba ha dabara na mgbawa nwere ike inweghachi nsogbu oge dum nwa ahụ nọ na nwata (25-50%).

**Nsụkọ ahụ rọrọ arọ** na-apụta ihe na nwata. Usoro a ga-agbaso dabeere na n'ogo na na mpaghara ahụ nrụrụ ahụ dị.

**Usoro dabeere** n'ọkpụkpụ na-apụta ihe bụ nke e nwere ike iji rụọ ọrụ oge nwata ahụ topụtara. Ihe kwesịrị ime na nke a bụ ibepụ mpaghara ahụ ahụ maọbụ kekọta mpaghara ndị ahụ ọnụ.

**Ndọtị n'usoro Hizarov** ka a na-ejikarị eme ndọtị nye ụmụaka ndị topụtawarala. A na –eme mgbaị site n'ijiri nwayọ wepụta mpaghara ọkpụkpụ ahụ ma dote ya n'ebe ọzọ. Site n'ime ka mwepụ hie nne, ghochie ohere dị maka nlọghachị nsogbu a tutu e bido ọrụ ndozi.


1


2


3



4


5

# Ndịgharị ihu ọgọdọ dịka ọ gbasara akaị ụkwụ


## Ihe mgba àmà
Ndufe na – apụtakarị ihe ma ọ bụrụ na nwa ahụ dị ihe karịrị ọnwa 30 ma ama ya gụnyere ngosị ndahie kendịwanye n'ikiri ụkwụ na ncheihu n'elu nke ihu ụkwụ n'oge ọgiga ije; okpuru ụkwụ na-egosịpụta ndim ike nke elu obo ụkwụ.





## Haizie nrụrụ
Hụ na a haziri nrụrụ ọ bụla site na nkedo ugboro abụọ maọbụ atọ tutu ime ndufe ewere ọnọdụ. Ka o sila dị mgbehu ụkwụ, ndọtị ụkwụ na ngosị ndahie pụrụ ịbụ ndị a haziri ahazi. Mbọ rụdere n'ala pụrụ ịhapụ inabata nhazi. Ọ bụrụ na obo ụkwụ egbehuwa, azụ (y.b. nọziwa n'ụdị o kwesịrị) rute ogo '10', sọọsọ ndụfe dị mkpa.

## Anestesia nnọzi n'ọnọdu, na mbepụ ahụ
Mee ka onye ọrịa a nọdụ n'anestetiiki mana n'ụdị ọ ga eche ihu n'elu. Jiri tọnikweti dị elu rute n'apata rụọ ọrụ. Mee ka mbepu na mgbehu mpụta n'etiti njikọ ọkpụkpụ n'etiti elu ya dịdebere ụdọ ime mbọ ụkwụ nso n'ihu isi akpụ ụkwụ [1]. A na- emekwu mbepụ n'elu n'ihu ọgọdọ akaị ụkwụ [2].




## Mepee ihu akaị ọgọdọ:
Ghewa akaị oghe ma kewapụ na mmapado e mere ya [3]. Hụ na mgbatịkwu nkewa a adịghị anya iji gbochie mmerụ ahụ nye ụdọ mbọ ụkwụ nke mbụ.

## Mado isi agịga
Ma do #0 na –èdè n'isi agịga [4]. Mee ka ndụdụ site n'akaị gafehie nne iji adụsiri ya ike.








## Dụfegharịa akaị a.
Dụfegharịa akaịa site na mpụta okpuru anụ ahụ na mpaghara e mere mbepụ [5]. Akaị na-anọdụ n'okpuru retinakulum na mgbatị anụ ahụ akaị. Mee ka nsụkọrọ anụ ahụ dị n'okpuru nwere onwe ya iji mee ka akaị ahụ che ihu na mpụta.

## Na mpụta mee ka njkọ ọkpụkpụ ụkwụ n'etiti mụbaa.
Ọ bụrụ na ọ dị jiri X-rey, [6]. Hụkwa mpaghara oghere dị n'onyocha [6 n'akụkụ aro], maọbụ chọpụta ya site n'ịtapịa ọkpụkpụ jidere ya na ụdọ mbọ ihu obo ụkwụ.

## Chọpụta ebe ndụfe kwesịrị ịdị.
Kpọfuo obere oghere (3.8-4.2) n'etiti mpụta kuneifọọmụ hiri nne nke na ọ pụrụ ịnabata akaị [7].




## Eriri agịga
Jiri agịga na-agbagọghi agbagọ dụchie iji chekwa oghere ndị a. Nefee otu  agịga n'ime oghere ahụ ka ị na-adụfe agịga nke abụọ, iji gbochie agịga ahụ ịkpọpu oghere nke mbụ ahụ [8]. Buru n'uche na agịga ahụ bara n'ime ya bụ obo ụkwụ [8].

## Tụkwasị uche n'ịgbatị mpaghara ụsọ anụ ahụ.
Ọ bụrụ na ọ dị mkpà, jiri obere mkpà rụọ ọrụ njedebe ụsọ anụ ahụ.

## Dụfee agịga abụọ

Site na mpe mpe akwa e nwere ike metụ aka, dụfee agịga a, bịazie jiri ya gafee n'oghere dị iche iche iji hụ na akaị siri ike.

## Nweta akaị

Ka e jisiri obo ụkwụ aka ike n'ala oge o gbehulara azụ, pụlie akaị mee ka ọ dakpuo n'ime oghere (aro 2) siste na mpụtị agịga ma kedo ya n'ọtụtụ nkekọrọ [3].

## Nchekwasị anya n'ofu ebe:

Mekwuo nchekwasị anya n'ofu ebe site n'ịdụfe akaị na mkpuchi ụkwụ n'akụkụ ahụ akaị siri wee banye na njikọ okpụkpụ ụkwụ ọ bụ agịga dị arọ ka eji eme nke a[3].

## Anestetiiki bendị

Gbamye ogologo anestetiiki bendị n'ime ebe ahụ mmerụ ahụ dị [4] iji belata ụfụ na-adị oge e mechara ọwụwa ụkwụ.

## Mpaghara nnọọrọonwe na-enweghị ihe nkwado

Na -adịghị ihe mgbakwunye kenkwado, obo ụkwụ kwesiri ịdịrị onwe ha n'ụdị nchebe onwe ha ihu [5] na na nnọọrọonwe valgoọsị kengosị ndahie.

## Mkpuchi ahụ

Jiri agịga dụchie ebe ahụ ghere oghe [6]. Mezie ka oghere ahụ mechisie ike.

## Cast Immobilization

Nkedo na –enweghị njegha jiri akwa dị ọcha mee nkedo ụkwụ dị ogologo [7]. Dọtịa ma mee ka ụkwụ ahụ gbehuru.

## Nlekọta oge e mesịrị mgbawa ụkwụ

Ka o si adị, onye ọrịa a na-anọdụ n'ụlọgwụ kwa abalị ahụ dum. Ihe ndụdụ ahụ wee mịkpọọ. Tọpụ nkedo ahụ ka o ruru izu 6. Nwata ahụ nwere ike nyịwa arụ dịka a tụrụ anya.

## Ńwàdó na njem nleta


Ka usoro a gasịrị ọ dị kwaghị mkpa ikwuwa maka emem nkwado. Gaa leta nwa ahụ ọzọ ka o ruru ọnwa isii iji mata ka ọrụ a si aga. N'oge ụfọdụ, ọgwụgwọ anụ ahụ dị mkpa n'iji nwetaghachị ike ma nọzie n'ụdịdị kwesịrị maka agam ije.


Ọgbaa : Dkt. Vincent Mosca














# Mmepụta ihe emem nkwado.

Nlụpụta ọma na nlekọta Ponseti gbadoro ụkwụ n'ogo ihe emem nkwado si dịde mma sị dị na bendị na otu o si wee dịrị n'ọnụ ego. Na –emeghị eme nkwado, nrụrụ ụkwụ ncheihu n'elu na-abịaghachị, mbọ ọgwụgwọ ya wee kụzie afọ n'ala. N'ezie, emem nkwado kwesịrị iwere ọnọdụ n'obodo e mere ọgwụgwọ. Nke a na – eme ka ngwa nkwado dịrịkwuo ọnụ ala ma gosịpụta ngwa ndị ahụ na kwa ndị ọ bụ ọrụ ha idozi ihe nkwado ndị gbajiri agbaji. Ọmụmaatụ bụ ịgba maka ụkpụrụ dimma bụ nke a hụrụ na Uganda. Michiel Steenbeek [1] akaputala nkwado e mepụtara na Uganda, o we dị ụbara n'obodo ahụ nille [3]. E jiri ngwaọrụ juru eju bara abara [2] na irighiri ngwaọrụ e nwere ike ịhụ n'ebe ọ bụla.





## Ngwaọrụ na irighiri ha

Ọ bụ naanị leda, laịnịn, osisi ghasiri ike, na ihe igwe na-esichaghị ike ka e ji emepụta ihe emem nkwado. Ngwa ndị a e ji akpakọta ya ọnụ bụ ihe ndị e ji emepụta akpọ ụkwụ. Ihe ndị e ji akpakọta ya gụnyere igwe e ji adụ leda [4], Ụmụ ihe mmepụta ụrọ na ihe ndị ọkwa nka ji arụ ọrụ.

## Ọnụ ego

Ihe ọ na –efu n'iji nweta ihe emem nkwado na-epe mpe karịa #10 nke ndị U.S.

## Ọzụzụ

N'iji hụ na ọrụ a gara sịrịrị werere, zụọ ndị obodo n'ụkpụrụ e ji emepụta ihe emem nkwado. Ụmụakwụkwọ a zụpụtarala n'usoro a ga –adị ezigbo mma maka ọrụ a n'ọdịniihu.

## Akwụkwọ nkọwa Steenbeek gbasara mmpụta emem nkwado

E nwere akwụkwọ a n'agba, bụ nke kọwara ma mapụta ụkpụrụ maka ogo ihe emem nkwado niile, na weebụ na: www.global-help.org maọbụ iimeelụọ steenbeek.michiel@gmail.com.





# Nkenụụdị ụkwụ ncheihu n’elu.

E nwere ndọrọ ndọrọ banyere mkpa ọ dị, ime nkenụụdị ụkwụ ncheihu n’elu. Ndị nkwado ya kwuru na ọ dị mma ibido na ndị obere gawa n’ihu maka ime nkenụụdị ụkwụ ncheihu n’elu, na – atụle agamniihu ya, na – akawapụta ụdị ọrịa. E nwere ụdị usoro abụọ kacha pụta ihe a na-eji eme nkenụụdị.

## Nkenụụdị site n’aka Pirani

Nkenụụdị ụkwụ ncheihu n’elu nke Pirani dokọrọ ogo nrụrụ ma zipụta ha n’usoro, ndị bụ ezigbo ụzọ a pụrụ iji ledo agamniihu.


**Usoro:** Jiri ama ebe ọgwụgwọ isii gụpụta ogo nrụrụ [1] maka mpaghara nrụrụ ọ bụla dịka o (n’ọdịdị e ji mara ya), 0.5 (na-adịchaghị n’ọdịdị e ji mara ya) maọbụ 1(ọkacha njọ). Gbakọo ogo ọ bụla na ka ha dị n’ụlọọgwụ ọ bụla e mere njem.


**Ntụle agammniihu.** N’oge nlekọta n’usoro Ponseti, mgbakọta na-egosị ma nrụrụ na – ahazi nkeọma [2] maọbụ na e nwere nsogbu na ogo njiri gbazie ụkwụ ncheihu n’elu na mpaghara ọ bụla. Mgbakọ a na –enyekwa aka n’ikpebi oge a ga – eme mghatị akwara ikiri ụkwụ..

**Ebemsirinweta:** Kpọtụrụ Dkt. Shaffique Pirani maka usoro mgbakọ a n’uju na: piras@aol.com.

## Nkenụụdị Dimeglio

Nkenụụdị n’usoro Dimeglio maka ụkwụ ncheihu n’elu na-egosipụtakwu usoro e ji atụle mpaghara nrụrụ ụkwụ ncheihu n’elu ọ bụla. Hụ: Van Mulken JM, Bulstra SK, Hoefnagels NH, Nnyocha ọgwụgwọ ụkwụ ncheihu n’elu n’usoro nkenụụdị Dimeglio J. Pediatr Orthop. 2001 Sep-Oct, 21 (5); 642-7.



# Ndụmọdụ nye ndị nne na nna

## Gịnị bụ ụkwụ ncheihu n'elu?

Ụkwụ ncheihu n'elu bụ nrụrụ obo ụkwụ agalaba ọkpụkpụ na – aka pụta ihe n'ụmụ a mụrụ ọhụrụ. Ọ na –adị n'otu n'ime otu puku ụmụaka ọ bụla. A maghị kpọmkwem ihe na – ebte ụkwụ ncheihu n'elu mana a na-eche na ọ ga-abụrịrị nsogbu mbupụtaụwa. Ọ bụghị ihe ndị nne na nna metara na ndụ ha maọbụ nke ha na –emeghị. Maka ya, o kwesịgbị ka ndị nne na nna laa na mwute maka na ha mụtara nwa nwere ụkwụ ncheihu n'elu. Ohere inweta nwa ọzọ bụ nwere ụkwụ ncheihu n'elu dị n'ogo nọdere 1 n'ime 30.

Ndị nne na nna nwere nwa ụkwụ chere n'elu kwesịrị ka ha mata na onye nwere ezigbo ọzụzụ n'ịgwọ ụdị ọrịa a lebara nwa ha ahụ anya, na ọ ga-enwe ụkwụ ya n'ụzọ zuru oke. Ụkwụ ọ bụla e lekọtara nkeọma anaghị ebute nhịa ahụ ọ bụla, ebe nwata ahụ ga – ebizikwa ndụ zuru oke.

## Mmalite ọgwụgwọ

N'izu niile, a na –eji otu nkeji akwa adọtị ọkpụkpụ obo ụkwụ a iji mee ka ọ dịrị n'ebe kwesịrị ka ọ dịrị ka e nwee ike gbatịa ụdọ ahụ dị mkpirisi ma sie ike na ihu akaị n'ime, azụ na ala ala obo ụkwụ. A na-etinyezi nkedo na – esite na mbọ ụkwụ ruo n'apata. Nkedo a na-emezi ka nhazi sitere na ndọtịa sie ike na nsụkọrọ ahụ na –echezi nkedo ọzọ. N'ụdị usoro a, ọkpụkpụ na njikọrọ ha a ghasara aghasa na mbụ alọghachietala n'ọdịdị ochie ha. Ọgwụgwọ kwesịrị ibido n'oge izu mbụ maọbụ nke abụọ nke ndụ iji nweta uru dị na nsụkọrọ anụ ahụ n'oge a.

## Nlekọta ihe nkedo n'ụlọ

**Ka nkedo weechara ọnọdụ,** kwa awa ọ bụla, lee ka ọbara si ekweogharị. Mee nke a rute awa isii na mbụ, e mesịa, ya bụrụ ugboro anọ kwa ụbọchi. Jiri nwayọ pịta mbọ a aka ma lewa anya ịhụ otu nkwogharị ọbara si alọghachite. Mbọ ụkwụ ga-achawa ụcha ma, na-egbughị oge, chagbarịa pịnki, ma ọ bụrụ na ọbara na – ekwogharị n'obo ụkwụ dị mma. A na – akpọ nke a "Ndịwanye mma". Ọ bụrụ na ọbara ahụ dị oji, dị oyi, na – adịwanyeghị mma (site n'ụcha chawa pinki) ọ pụrụ ịbụ na nkedo ahụ esika ike. Nke a mee, gaa hụ dọkịta gị maọbụ ndị nlekọta nọ gị nso ka ha nyochaa nkedo a. Ọ bụrụ ha nwa gị nwere faịbaglaasị rọrọ arọ, wepụ ya.

**Hụ njikọrọ dị n'etiti ọnụ mkpịsị ụkwụ na ngwụsị nkedo.** Ọ bụrụ na mkpịsị ụkwụ adị ka ihe na –epewazi mpe n'ime nkedo a, gaghachi hụ dọkịta gị maọbụ ụlọọgwụ maka nnyocha.

**Mee ka nkedo a dịrị ọcha ma gbakọọ agbakọọ.** Ọ bụrụ nkedo ahụ enwee mmetọ, jiri akwa dịtụ mmiri hichaa ya.

**O kwesịrị idote** nkedo a ahụ n'okpuru pilo maọbụ mpe mpe akwa a rọrọ arọ ruo mgbe ọ kọrọ ma sie ike. Ka nwa gị dina, che ihu n'elu, dote pilo n'okuru nkedo ahụ iji mee ka ụkwụ ahụ latụ elu ka ikiri ụkwụ ahụ nwee ike dịrịtụ elu karịa pilo ahụ. Nke a na –egbochi ịdị arọ n'ikiri ụkwụ ahụ, bụ nke pụụrụ ime ka o siwe isi.

**Ghochie mmetọ nkedo:** Gbochie mmetọ nkedo site n'igbanwe akwa e jiri mee ya bụ nkedo, site n'oge ru n'oge. E kwela ka elu ngwụcha nkedo ahụ metụ akwa ahụ iji gbochie mmamịrị na nsị ịbanye n'ime ya. Ebe o kwere omume, akwa ụkwụ ogologo na-agbatị agbatị dị mma ma ọ dịrị.

## Ọ bụrụ ị chọpụta otu n'ime ndị a na – esote, mee ka dọkịta gị maọbụ nọọzụ nọ n'ụlọọgwụ mata…

**I.** Isi ọ bụla jọkarịrị njọ maọbụ abụ isi si n'ime nkedo ahụ na –apụta

**II.** Abụ dị uhie maọbụ ahụ na-asọ oyi n'etiti nkedo.

**III.** Nkwogharị ọbara na-adịghị n'uju na mkpịsị ụkwụ (hụ #1 n'elu).

**IV.** Nkedo na – ahịọpụ ahịọpụ

**Nwata inwe** akụm na-eru n'ogo 38.5' c/10 1.3F maọbụ ihe mbụ ọrịa a na adịghị ahụ anya.

## A ga etinye nkedo ọhụrụ n'agbata mkpụrụ ụbọchị 5 ru 7 ọ bụla.

A ga-eji mma mkpà pụrụ iche tọpụ nkedo ahụ; maka nke a, nkedo ahụ kwesịrị ịrọ arọ ụbọchị ahụ ị na-abịa ụlọọgwụ. I mee nke a tinye nwa gị n'ime tuubu maọbụ zinki, hụ na mmiri gbańara agbaria na-abanye n'ime nkedo ahụ ihe dịka nkeji 15-20). Ka nsamaahụ a wechaara ọnọdụ, kedo akwa dị mmiri gburu gburu nkedo ahụ ma jiri akpa rọba kpuchie ya. Akpa achịcha ga-adị nnọọ mma maka nke a.

## Duration of active treatment

Oge nlekọta bụ igba kwesịrị ịnọru site na nkedo ise ruo n'asa (nkedo ọ bụla ga-esite na mkpịsị ụkwụ rute n'elu ukwu ka ikpere dịlaghara n'akụkụ aka nri) site n'izu anọ ruo asaa kwesịrị izu ezu n'iji hazie nrụrụ ụkwụ ncheihu n'elu (hụ usoro n'okpuru). Ọ bụladịị obo ụkwụ ndị siri ike ekwsịgbị ịgafe nkedo dị asatọ maọbụ itoolu n'iji nweta ogo nhazi zuru oke. Imē X-ray n'obo ụkwụ abaghị uru ma e wepụ oge ọ gbasara ndị sikarịrị n'ike n'ihi na dọkịta na –agba ọkpụkpụ ga- eji mkpịsị aka ya chọpụta ogo kwesịrị ekwesị ka ọ matarala akụkụ ọkpụkpụ ahụ dị.

## Mmecha nhazi bụ ịgba

Obere usoro ofiisi ka a chọrọ n'iji hazie imeriime obo ụkwụ. A na –eme ka azụ akpụ ụkwụ hapụ inwe mmetụtaahụ ihe ọ bụla bụ mgbe a ga – ekewa akwara akaị ikiri ụkwụ bụ nke a na-eji mkpa mee. A ga-emezi nkedo ikpeazụ. Akaị a ga-etopụta ọzọ n'ogo o kwesịrị ịdị na kwa n'ike kwesịrị ya mgbe e wepụrụ nkedo ahụ ka izu 3 gasịrị. Na njedebe ogbụgba obo ụkwụ a kwesịrị ịdị ka ihe hazifere, na-ewere ọnọdụ obo ụkwụ mbadamba ọ ga – alọghachite n'ezibo ọnọdụ ka ọnwa denaole gasịrị.

## Nchedo mgbazi-mgbatị nkwado  obo ụkwụ

Nrụrụ ụkwụ ncheihu n'elu na –adị ka ọ na –alọghachi azụ ka e mesịrị ya nhazi. N'iji gbochie nlọgbachi oge a tọpụchara ihe nkedo a a ga-eyịrịrị ihe nkwado ndọtị obo ụkwụ na –agbanyeghị ma e bepụrụ akwara akaị ikiri ụkwụ maọbụ na e meghị nke a. E nwere ọtụtụ ihe ndọtị nkwado dị iche iche. Nke a na-ejikarị eme ihe sonyere akpụkpọ ụkwụ nwere mkpịsị ghere oghe, elu ya dị ogo, ọ dịrịkwa rịrịrị bụ ndị a na- agbakwunyere ngwụsị baa alụminịọmụ. Ohere dị n'agbata ikiri ụkwụ nke akpụkpọ ụkwụ ndị a n'ịgbasa ngụ nwata ahụ na-adị nhatanha. Mmezitụ a na emezitụ akpụkpọ ụkwụ ndị a bụ iji mee ka ha hapụ nchichapụ. Akpụkpọ ụkwụ dị n'ụkwụ ncheihu n'elu na-atugharị n'ogo mpụta 60 ru 70 na n'obo ụkwụ dị n'ụdị ziri ezi (ma ọ bụrụ na nwata ahụ nwere naanị otu ụkwụ chere ihu n'elu) n'ogo 30 ru 40. A na –eyi ihe nkwado a rute awa 23 n'ụbọchị ọ bụla, o pee mpe karịa, ọnwa 3 na ka nke a gasịrị, n'abalị na n'oge nhimụra obere oge site na'afọ 3 ru 4.

N'agbata abalị nke mbụ na nke abụọ oyiyi nkwado a, e nwere ike nwata ahụ agaghị enwecha obi iru ala ka a na-agba mbọ, iji hụ na ụkwụ ya abụọ nọziri. Ọ dị oke mkpà ka a hapụ iyipụ ihe nkedo ahụ n'ihi na nrụrụ ụkwụ ncheihu n'elu nwere ike ịlọghachite ma ọ bụrụ na e yighị ya dịka e nyere na ntụziaka. Ka abalị nke abụọ a gasịrị nwata ahụ enwetawala onwe ya na nkedo ahụ. A na-eyi ihe nkwado mpụtị ụkwụ ncheihu n'elu a naanị mgbe a hazirila ụkwụ ncheihu n'elu a n'uju. Site na ndọtị, usoro mghatị na,  o kwe mee, ntọhapụ akaị ikiri ụkwụ ọ bụladịị, mgbe e merela magbazi nkeọma, ụkwụ ncheihu n'elu a nwere ike lọghachị azụ ru oge nwa ahụ rurula afọ 4. Mpụtị nkwado obo ụkwụ, bụ sọọsọ nke usoro dị mma dị na 95% nke nwata ahụ oge a na-eme ya kwamgbe kwamgbe, dịka e gosịrị n'elu. Oyiyi ihe nkwado a agaghị egbochi nwata ahụ imē nkeọma dịka ọ gbasara ịnọdụ ọdụ, igbē ighere, maọbụ iga ije.

## Ọkwa gbasara oyiyi nkwado na mpụtị ụkwụ

**Mgbe dum,** yinye nwa ahụ akwa obo ụkwụ (sọọkịsị) ogho ga –ekpuchi ụkwụ na obo ụkwụ nwata ahụ n'ebe ọ bụla o jere. Ahụ nwa gị nwere ike na-enyetụ ya nsogbu oge e mechara nkedo nke ikpeazụ n'ihi ya, inwere ike na-eyinye ya akwa obo ụkwụ abụọ maka ụkwụ nke ọ bụla n'ụbọchị 2 ndị nke mbụ naanị, ka ụbọchị nke abụọ gasịrị yinye ya sọọsọ otu  njikọ akwa obo ụkwụ. Ọ bụrụ na nwa gị anaghị enye nsogbu oge i tinyere ihe emem nkwado, i nwere ike chọọ iburu ụzọ tinye obo ụkwụ nke kacha njọ, tinye nkeọma ma e mesịa. ka o sila dị, ọ bụrụ na nwa gị enyekarịa nsogbu oge ị na etinye nkwado, a, buru  ụzọ che ihu n'ụkwụ nke ahụ ka mma, n'ihi na nwa gị ga-achọ ịnọdụ n'okpuru ụkwụ nke abụọ a.

**Ọ bụrụ na nwa gị** egosịghị ihu ngbarụ, i  nwere ike chọọ iburu ụzọ che ihu n'obo ụkwụ nke ahụ kacha njọ n'itinye ihe emem nkedo a ma tinyezie nke ahụ katụ mma. Mana, ọ bụrụ na nwa gị enyekarịa nsogbu ka i na-eme ya ya bụ nkedo buru ụzọ che ihu na nke ahụ ka mma n'ihi na nwa gị ga-achọ igbanye ụkwụ n'akpọ ụkwụ nke abụọ ahụ.

**Jide obo ụkwụ ahụ aka** n'ime akpọ ụkwụ a ma kechigide akpụ ụkwụ leda nkedo a n'ime akpọ ụkwụ. Akanyela akara n'ime oghere a i kedoro akpụ ụkwụ a na ya maka na, ka oge na-aga, leda ahụ ga-aghatị ihe nkanye gị wee bụrụzịa n'efu.

**Hụ na ikiri ụkwụ nwa ahụ rutere** n'ala akpọ ụkwụ ahu site n'ịpụli na n'ịpụda ụkwụ ya. Ọ bụrụ na mkpịsị ụkwụ ya alaa azụ, laa ihu, ikiri ụkwụ ahụ erughị ala. N'ihi ya, ị ga –ekegharịrị leda a kanye akara ahụbara áma n'elu n'ime akpọ ụkwụ ahụ iji gosịpụta mpaghara mkpịsị ụkwụ nwa ahụ kwụsịrị. Mkpịsị ụkwụ a ga-adị na maọbụ gafee laịnị a ma ọ bụrụ na ikiri ụkwụ ahụ dị na mpaghara kwesịrị ya.

**Kechisịa akpọ ụkwụ** ndị a ike ọfụma mana e kwela ka ha dọbie. Cheta; eriri ime ahụ bụ mpaghara kacha mkpa. E ji eriri a ekedo ụkwụ n'ime akpọ ụkwụ a.

**Hụ na mkpịsị ụkwụ nwata ahụ dum** pụtara rịrịrị na kwa na e nweghị nke n'ime ha rụdere arụde. Ru mgbe i ji n'aka na nke a adịla otu a, i nwere ike chọọ ikewapụ mpaghara mkpịsị ụkwụ akwa obo ụkwụ a nke na i pụrụ ịhụ mkpịsị ụkwụ ndị ọzọ nkeọma.

## Ihe nnyemaaka maka mpụtị ihe nkwado obo ụkwụ

**Tụọ anaya įchọpụtara na** nwa gịanaghị enwe udo n'ime mmụọ ka o nọ n'ihe emem nkwado a, na mkpụrụ ụbọchị abụọ ndị nke mbụ. Nke a abụghị maka na ihe nkwado a na-afụ ya ụfụ kama na, ọ bụụrụ ya ihe ọhụrụ dịkwa iche.

**Gwusị nwa gị egwu ka ọ nọ n'ime ihe** emem nkwado a. Nke a bụ ọtụgwa n'iji gabiga ihe nramaahụ na –eme ka, mgbe ụfọdụ nwa gị anaghị azọpụ ụkwụ ya ma nke ọzọ azọpụghị. Kụziere nwa gị na o nwere ike įzọpụ ụkwụ ya abụọ n'otu oge ka ha dị n'ime ihe nkwado ahụ. I nwere ike jiri nwanyọ rụọ maọbụ pụtịa baa nke ihe emem nkwado a iji kụiziere nwa gị ka ọ sozie ụkwụ ike ma gbatịa ha abụọ n'out oge.

**Mee ya ka ọ bụrụ** omenala - Ụmụaka na –akacha eme nkeọma ma ọ bụrụ i mee usoro a oge niile na ndụ gị. N'agbata afọ 3 ruo 4 nke abalị na oge myim akwa mpe mpe, yinye nwa gị ihe nkwado a mgbe ọ bụla ọ chọrọ ihi ụra. Nwa ahụ ga-amata na mgbe o rụrụ oge ahụ n'ụbọchị ọ bụla, na o kwesịrị ka ya yiri ihe nkwado a. Ọ bụrụ i mee nkwado abụrụ omenala nye ya, ọ dịghị ka nwa gị ga enwewanye ihu mgbarụ maka ya.

**Kedo akwa a na baa ahụ:** Teepụ aka igwe na-arụ ezigbo ọrụ na nke a site n'ikedo akwa na baa, ị ga – eghochi onwe gị na nwa gị na arịa ụlọ gị site na ndagide baa ahụ oge a nwa gị yi ya.

**E tela nwa gị ude n'ebe ọ bụla ntụpọ uhie** dị n'ahụ ya. Ude na –eme ka nsogbu a karịa. Ụfọdụ ebe chara uhie bụ otu ahụ ka ha na – adị ka ọrụ na-aga n'ihu. Ebe ụfọdụ chara uhie, ọ kachasị, n'azụ ikiri ụkwụ na-ezipụta na ntụpọ e yisighị akpọ ụkwụ ahụ ike n'ụdị kwesịrị ekwesị.

**Ọ bụrụ na nwa gị** esi n'ihe nkedo ahụ na –ewepụtakarị ụkwụ ya, mata na ikiri ụkwụ ya eruteghị n'ala akpọ ụkwụ ahụ. Nwalee ihe ndị

- ***a.*** Kedo sikwuo eriri ahụ ike site n'ịtịfe n'otu oghere ọzọ.
- ***b.*** Kechisịa elu akpọ ụkwụ a ike.
- ***c.*** Wepụ ire akpọ ụkwụ ahụ (iyi ihe emem nkwado a na-tinyueghị ire ya agaghị emerụ nwa gị ahụ)
- ***d.*** Nwalee imē ka akpọ ụkwụ ahụ hapụtụ ịnyị arụ site n'isi ru n'ala.

**Site n'oge ruo n'oge,** kedosie akpọ ụkwụ a ike na baa a.r.

## Nledo anya nke ogologo oge.

Site n'ịgbaso ndọtị n'uju ụkwụ ị chere ihu n'elu, ịbịa nleta n'ụlọọgwụ ga-ewere ọnọdụ n'agbata onwa 3 ruo 4 ọ bụla, bịazie ọ bụrụ ugboro olenaole. Dọkịta gị ka ọ dịịrị ikpebi mgbe emem nkwado ọ bụla kwesịrị ịnọrute gbado ụkwụ n'ogo nrụrụ ụkwụ ncheihu n'elu na mpụrụ nlọghachite nrụrụ. A kwụsịla ọgwụgwọ n'oge. Njem nleta nke átọ áfọ ga –ewere ọnọdụ ruo n'agbata afọ 8 na 10 iji chọpụta mpụrụ nlọghachị nrụrụ keogologo oge.

## Nlọghachị

Ọ bụrụ na nrụrụ ahụ alọghachị azụ n'aghata afọ 2 – 3 nke mbụ, mpụta na nkedo kwa izu ka a na – ebidoghachi. Mgbe ụfọdụ, ntọhapụ ụdọ akaị ikiri ụkwụ nke abụọ dị mkpa. N'oge ụfọdụ, na-agbanyeghị nkwado e mere nkeọma, ọ bara uru ime obere mgbawa ụkwụ oge nwa ahụ nọ afọ 3 iji gbochie nlọghachị ọzọ. Otu e si eme ya bụ site n'ịtụfe ihu akaị ụkwụ site n'ihu obo ụkwụ gaa n'etiti obo ụkwụ.

# Nkọwada

**1963** Ponseti IV, Smoley EN. Congenital clubfoot: the results of treatment. J Bone Joint Surg Am 45(2):2261¬–2270.
**1966** Ponseti IV, Becker JR. Congenital metatarsus adductus: the results of treatment. J Bone Joint Surg Am 43(4):702–711.
**1972** Campos J, Ponseti IV. Observations on pathogenesis and treatment of congenital clubfoot. Clin Orthop Relat Res 84:50–60.
**1974** Ionasescu V, Maynard JA, Ponseti IV, Zellweger H. The role of collagen in the pathogenesis of idiopathic clubfoot: biochemical and electron microscopic correlations. Helv Paediatr Acta 29(4):305–314.
**1980** Ippolito E, Ponseti IV. Congenital clubfoot in the human fetus: a histological study. J Bone Joint Surg Am 62(1):8–22.
**1980** Laaveg SJ, Ponseti IV. Long-term results of treatment of congenital clubfoot. J Bone Joint Surg Am 62(1):23–31.
**1981** Brand RA, Laaveg SJ, Crowninshield RD, Ponseti IV. The center of pressure path in treated clubfoot. Clin Orthop Relat Res 160:43–47.
**1981** Ponseti IV, El-Khoury GY, Ippolito E, Weinstein SL. A radiographic study of skeletal deformities in treated clubfoot. Clin Orthop Relat Res 160:30–42.
**1992** Ponseti IV. Treatment of congenital clubfoot. [Review, 72 refs] J Bone Joint Surg Am 74(3):448–454.
**1994** Ponseti IV. The treatment of congenital clubfoot. [Editorial] J Orthop Sports Phys Ther 20(1):1.
**1995** Cooper DM, Dietz FR. Treatment of idiopathic clubfoot: a thirty-year follow-up note. J Bone Joint Surg Am 77(10):1477–1489.
**1996** Ponseti IV. Congenital Clubfoot: Fundamentals of Treatment. Oxford University Press.
**1997** Ponseti IV. Common errors in the treatment of congenital clubfoot. Int Orthop 21(2):137–141.
**1998** Ponseti IV. Correction of the talar neck angle in congenital clubfoot with sequential manipulation and casting. Iowa Orthop J 18:74–75.
**2000** Ponseti IV. Clubfoot management. [Editorial] J Pediatr Orthop 20(6):699–700.
**2001** Pirani S, Zeznik L, Hodges D. Magnetic resonance imaging study of the congenital clubfoot treated with the Ponseti method. J Pediatr Orthop 21(6):719–726.
**2003** Ippolito E, Farsetti P, Caterini R, Tudisco C. Long-term comparative results in patients with congenital clubfoot treated with two different protocols. J Bone Joint Surg Am 85(7):1286–1294.
**2003** Morcuende JA, Egbert M, Ponseti IV. The effect of the internet in the greatment of congenital idiopathic clubfoot. Iowa Orthop J 23:83–86.
**2004** Morcuende JA, Dolan L, Dietz F, Ponseti IV. Radical reduction in the rate of extensive corrective surgery for clubfoot using the Ponseti method. Pediatrics 113:376–380.
**2004** Dobbs MB, Rudzki JR, Purcell DB, Walton T, Porter KR, Gurnett CA. Factors predictive of outcome after use of the Ponseti method for the treatment of idiopathic clubfeet. J Bone Joint Surg Am 86(1):22–27.
**2005** Morcuende JA, Abbasi D, Dolan LA, Ponseti IV. Results of an accelerated Ponseti protocol for clubfoot. J Pediatr Orthop 25(5):623–626.
**2005** Tindall AJ, Steinlechner CW, Lavy CB, Mannion S, Mkandawire N. Results of manipulation of idiopathic clubfoot deformity in Malawi by orthopaedic clinical officers using the Ponseti method: a realistic alternative for the developing world? J Pediatr Orthop 25:627–629.
**2005** Konde-Lule J, Gitta S, McElroy T and the Uganda Sustainable Clubfoot Care Project. Understanding Clubfoot in Uganda: A Rapid Ethnographic Study. Makerere University.
**2006** Dobbs MB, Nunley R, Schoenecker PL. Long-term follow-up of patients with clubfeet treated with extensive soft-tissue release. J Bone Joint Surg Am 88:986–996.
**2006** Ponseti IV, Zhivkov M, Davis N, Sinclair M, Dobbs MB, Morcuende JA. Treatment of the complex idiopathic clubfoot. Clin Orthop Relat Res 451:171–176.
**2006** Shack N, Eastwood DM. Early results of a physiotherapist-delivered Ponseti service for the management of idiopathic congenital talipes equinovarus foot deformity. J Bone Joint Surg Br 88:1085–1089.
**2007** McElroy T, Konde-Lule J, Neema S, Gitta S; Uganda Sustainable Clubfoot Care. Understanding the barriers to clubfoot treatment adherence in Uganda: a rapid ethnographic study. Disabil Rehabil 29:845–855.
**2007** Lourenço AF, Morcuende JA. Correction of neglected idiopathic club foot by the Ponseti method. J Bone Joint Surg Br 89:378–381.
**2007** Terrazas-Lafargue G, Morcuende JA. Effect of cast removal timing in the correction of idiopathic clubfoot by the Ponseti method. Iowa Orthop J 27:24–27.
**2008** Morcuende JA, Dobbs MB, Frick SL. Results of the Ponseti method in patients with clubfoot associated with arthrogryposis. Iowa Orthop J 28:22–26.
**2008** Gurnett CA, Boehm S, Connolly A, Reimschisel T, Dobbs MB. Impact of congenital talipes equinovarus etiology on treatment outcomes. Dev Med Child Neurol. 2008 Jul;50(7):498-502.
**2008** Richards BS, Faulks S, Rathjen KE, Karol LA, Johnston CE, Jones SA. A comparison of two nonoperative methods of idiopathic clubfoot correction: the Ponseti method and the French functional (physiotherapy) method. J Bone Joint Surg Am. 2008 Nov;90(11):2313-21.

Ọtụtụ akwụkwọ mbipụta nke ndị otu nnyemaaka mbaụwa na-ekesasi n'efu dị na weebụ websaịtị anyị maọbụ ndị ọzọ e bipụtara ebipụta dịkwa n'ọnụ ego na-ehighị nne. Biko gaa hụ websaịtị anyị na www. globa-help.org. Mbịpụtaa bụ nke dịbu n'asụsụ Bekee naanị dịzị ugbu a n'obodo gafere 140 n'ọnụọgụgụ, e depụtakwalaarị ya n'ọtụtụ asụsụ.

## Mbịpụta ga

Ihe nille e gosịpụtara na websaịtị anyị bụ n'efu. Ngosịpụta ga-adị n'ụdịdị dị iche iche.

### PDF maka websaịtị na oboakwụkwọ Sii Di

Ihe ndepụta niile dị n'ụdịdị PDF. A pụrụ inweta PDF a na websaịtị anyị site n'ịpị ọtụgwa isiokwu maọbụ onyoonyoo kembipụta (prịnta) gị n'agwa maọbụ n'adịmoojinaọcha. Mmewere oboakwụkwọ Sii Di gụnyere ọtụtụ ihe mbipụta. E newziri ike ifanye faịlụ ndị a na kọmpakt diski dị mma. Ụfọdụ Sii Di nke oboakwụkwọ ka e merela ka ọ bụrụ na naanị obodo ndị na-emepe emepe ka e ji ha arụ ọrụ.

### Mpịpụta ndị nwerela mgbasa.

Ụfọdụ ozi mbịpụta dị n'ụdị "onye chọọ" a pịpụtara ya. Tụ maka otu maọbụ ọtụtụ kọpị a pịrịla na websaịtị anyị na www.global-help.org. Sọọsọ ụgwọ: mbịpụta na nzite ka ị ga-akwụ.

### Globa HELP Donors

Henry & Cindy Burgess**
Charlene Butler & Michael W.
Peter & Diane Demopulos
Martin & Allyson Egbert
Susan Elliott & Travis Burgeson**
George Hamilton*
Lars & Laurie Jonsson*
Paul & Suzanne Merriman**
Jennifer Moore
Jerald & Michelle Pearson
Sam & Mary Lou Pederson*
Thomas & Floret Richardson*
Robert Riley & Peter Mason
Nadine Semer
Irving & Judith Spiegel
Lynn & Lana Staheli**
Joe & Diane Stevens
R. & Meera Suresh
Ozgur Tomruk
Robert G. Veith
John Walter & Judith Pierce-Walter
Robert & Betti Ann Yancey

Nsonyere gụnyere ndị nyerela ihe karịrị $1,000
V. Ndị nyerela onyinye > $5,000
Ndị nyerela onyinye > $20,000

### Adụreesị websaịtị ga:

www.global-help.org
www.orthobooks.org

**Zibatara anyị ihe ndị mmadụ kwuru, ajụjụ na ihe nlere anya e bipụtara maọbụ zisaa gbasara otu nnyemaaka mba ụwa na:**
questions@global-help.org

**Ikikeonwunwe © 2009 otu Nnyemaaka mba ụwa. Ikike diịrị ndị new ọrụ.**

ISBN 978-1-60189-084-9
9 781601 890849



China


Uganda


Lithuania


Uganda


Turkey

GLOBAL HELP
Health Education using Low-cost Publications
WWW.GLOBAL-HELP.ORG